do not remove this strip

# OBIDIYA

ENYINNA AKOMA

IBADAN
UNIVERSITY PRESS LIMITED

Abuse of these privileges jeopardizes

*University Press Limited*
IBADAN BENIN KANO LAGOS OWERRI ZARIA

*Oxford University Press*
OXFORD LONDON GLASGOW
NEW YORK TORONTO MELBOURNE WELLINGTON
KUALA LUMPUR SINGAPORE JAKARTA HONG KONG TOKYO
DELHI BOMBAY CALCUTTA MADRAS KARACHI
NAIROBI DAR ES SALAAM CAPE TOWN

173-7379

PL
8261.9
.A63
O4
1980

© Oxford University Press, 1977
© University Press Limited, 1979
*Reprinted 1980*

ISBN 0 19 575396 8

*Printed by The Caxton Press (W.A.) Limited, Ibadan*
*Published by University Press Limited, Ibadan*
*Oxford House, Iddo Gate, P.M.B. 5095, Ibadan, Nigeria*

Ọ bụghị mgbe egbudara osisi ka ọ na-akpọnwụ

do not remove this strip
Abuse of these privileges jeopardizes

*Maka icheta*

*Michael Echeruo*

*na ndị 'Writers' Workshop'*

*nke e mere na Nsụka n'afọ* 1973

Do not remove this strip
Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

# NDỊ SO N'IHE NKIRI A

| | |
|---|---|
| Oriakụ Dike | — *Onye Ụmụegbu* |
| Ụgadiya<br>Ọmasịrịdiya<br>Jiojị | — *Ụmụ nwanyị Oriakụ* |
| Ihemkọrọm | — *Nwa ha nwoke* |
| Ugwumba | — *Nwanne Oriakụ* |
| Gogo | — *Odibo Oriakụ* |
| Ọnụma Ejimọfọnna | — *Onye Ụmụegbu* |
| Obidiya | — *Nwunye ya* |
| Onye Nwe Ala | — *Eze Ụmụegbu* |
| Ndị eze | — *Ndị ochịchị Obodo* |
| Ogbuu<br>Omeife<br>Diọgụ | — *Ndị Ogbu isi* |
| Akakaka | — *Onye dibia* |
| Tanka | — *Onye Ara* |
| Ụmụ nnadi | |

Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

# 1 USORO MBỤ

*[Ụmụ Nnadị ga-esị aka nri bata abụọ abụọ kwụrụ ọtọ n'ihu ọha mmadụ.]*

ỤMỤ NNADI: Ka egbe bere ugo bere,
Bụ iwu ziri ezi, bụkwara uche Chukwu.
Ma ndị mmadụ, ndị ajọ mmadụ
Obi ha gbagọrọ agbagọ
Na-achọ ibere nanị ha,
Inwekọta ụwa nanị ha,
Ka ọ bụrụ nke ha na ụmụ ụmụ ha.
Ha nwere ike ime ihe ọ bụla
Ka ihe nile bụrụ nke ha.
Udo gara adị, nsogbu agaghị adị
Ma a sị na Oriakụ weere ikpe
Nke onye isi ụlọ ikpe kpere
Bụ ezi okwu a n'etinyeghị mmiri
Bụrụkwa ihe ndị okenye nile
N'obodo a ma nke ọma.
Ma ọnwụ chọọ igbụ nwa nkịta
Ọ naghị anụkwa isi nsị.
Lee! ọ jụla ihe nile e kpere n'ikpe,
Echiche ọjọọ nile a baa n'obi ya,
Na-akpaghari n'ime mmụọ ya
Dị ka oke si akpaghari n'abalị.
Ihe ọ na-achọ ime ụgbụ a bụ arụ,
Bụkwara ihe megidere iwu Chineke.
Ma a naghị egbochi onye isi ada.
Ihe dapụtara n'ime ije a
Ga-adị n'isi ya na isi ndị ọzọ



Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

Bụ ndị ebere ha na-eme m.
Ha ga-ahụsi anya, hụsie anya
Maka ihe na-agbasaghị ha
Bụ ihe anya ukwu kpatara
Ewoo! anya ukwu, anya ukwu!
Dede Anya ukwu, ị dịghị a mụ ezi nwa.
Ebere na-eme m, ọ na-eme m.
Elu na ala, biko, mee eberé
N'ihi na ihe mere n'imi memiri ememi.

*[Ha nile apụa.*
*Oriakụ ga-abata. O yiuwe ndị eze, jikwara mkpara na ezigbo okpu okpu n'isi.]*

ORIAKỤ: Ụbụbụ jam! Agaghị m ekwe! Ụdị ahụ agaghị eme na ndụ nke a anyị nọ n'ime ya. Onye kwe, Chi ya ekwe. Abụghị m onye nwa alọ ga-emeri n'ikpe. Nwata m ma oge nne ya ji tụa ime ya. Ọ chọrọ igosị m na ya e topụtala; topụta n'elu isi m. Tụfịakwa! Aga m eji nkume tipịa ya, tipịa ya ririri, ka majistreti iberibe a mata na aga na-asọpụrụ m, sọpụrụ anyị, sọpụrụ okwụ anyị ọ bụladị oge anyị dara iwu. A sibedị na anyị a daa iwu, o kwesịrị ka e were ọnọdụ anyị nọ n'ime obodo mee ka ndị ọzọ huchiere anyị ahụhụ. Nke a bụ uru anyị na-eketa maka agba anyị nwere. Gọment, gọment ọ bụ ole ndị? Oriaku. A na-eme ya eme? Ọ bụghị ya bụ onye mbụ. Ọtụtụ ndị majistreti emeerala m ụdị ihe a. Ya onwe ya bụ ọkachamara. Lee nwa anụmanụ ga-emeri Oriakụ na kọt. Ndị ole na-eweta ego e ji ewù kọt na nke e ji akwụ ya ụgwọ ọnwa? Aga m ezi ya izu gwa kwa ya na mmadụ ka ibe ya. Onye bu Ọnụma? Onye mụrụ ya? Agbụrụ ya nile erughị mkpịsịrị aka m. Ya na nnanna ya a kpatabeghị ego nile m nwere na bank. Ole ka a ga-esi kọọ ya na nwa nkịta Oriakụ tagbụrụ Oriaku. Chukwu ekwela! Obere nwa merie m! Jụ ego m nyere ya maka na ya si obodo oyibo lọta ọhụụ! Nnụ naira isii! Ka Ọnụma bata n'ala ahụ, m tipịa isi m na nkume. Onye ziri ya na a na-enwe ala enwe? Nna nna ya bụ ohụ. A zụrụ ha azụ. Ebe a ha bi bụ ala e nyetụrụ ha enyetụ. Ebe ọ na-awa anya, aga m agwa agwụ osisi e ji tụa ya. Onye ga-ekwu? Nwanyị ya ga-eme gịnị? Nwanyị bụ nwanyị. O sie ike m kpọ ya n'ụlọ nye ya ego, lụa ya. Ama m ọtụtụ ụmụ nwanyị lụrụ ndị gburu di ha. Nwanyị ya agaghị abụ onye mbụ ma ọ bụ onye abụọ. Agnes James natara ihe eji gbuo di ya . E mesịa ọ lụrụ nwoke gburu di ya. Ebe nsi nile enweghị ike gbuo ya, mma na egbe ga-egbu ya. Ebe ọ sị na ya bụ nkume, aga m eji otu aka tirisie ya. *Ọ kpọọ oku,* Gogo! Gogo!.





Abuse of these privileges jeopardizes

Do not remove this strip

[*Gogo a bata*]

GOGO: Nna anyị, ị kpọrọ m oku?

ORIAKỤ: Olee ebe ị nọ ka mgbe m na-eti gị mkpu n'isi?

GOGO: Nna anyị, anọ m n'usekwụ, anụghị m.

ORIAKỤ: Ị ga-agba mbọ ghewe ntị gị oghe. Achọghị m ị na-eti mkpu ka ndị na-achụ nta oge nile.

GOGO: Onye nwe m, m ga-eme otu ahụ.

ORIAKỤ: Ọ dị mma. Ị ga-eje Abame, kpọọrọ m Ogbụụ.

GOGO: Ya na onye?

ORIAKỤ: Sị ya na m chọrọ ya na ndị ọzọ.

GOGO: Ya na ndị ọzọ.

ORIAKỤ: E e! Gawa.

[*Gogo a pụọ*]

ORIAKỤ: Aga m eme ka nwata a mata na o nwere oke iwu nwere ike ịdụkwa mmadụ. Nwata tụlie nna ya elu, ọgọdọ awụchie ya anya.

[*Emechie Kọtịn.*]

[*N'ụlọ Ọnụma ebe ya na nwanyị ya na-eri ihe.*]

ỌNỤMA: Enyi, nke a bụ ya.

OBIDIYA: Ọ bụ otu m si eme.

ỌNỤMA: Nke taa ka ibe ya.



OBIDIYA: Mmamma, aga m emekarị nke a oge ọzọ.

ỌNỤMA: Anyị ga-ekele Chineke maka ọlụ ya nile.

OBIDIYA: Onye ka Chi? Enyi, ka mgbe m pụtara ụwa ahụbeghị m ụdị majistreti nke a. Nwoke chọrọ ezi okwu hụ isi ya.

ỌNỤMA: Ndị ọchọ ego nọ; ụmụ Chineke nọkwa n'ọlu nile. A naghị e ji ego azụta ndị a.

OBIDIYA: Eziokwu. Oriakụ gara ewere ego chụpụ anyị n'ala ebe a mụrụ gị. O nweghị ihe ego enweghị ike ịlu.

ỌNỤMA: E mesịa, anyị ga-eje kelee majịstreti ahụ.

OBIDIYA: A sị na mmadụ anaghị abata ụlọ ya.

ỌNỤMA: Asị. A naghị eji asịrịmasị eme ụka. Anyị ga-achọ otu ụbọchị, were ji atọ, na ọjị.

OBIDIYA: Na ezigbo oke ọkụkọ chara acha.

ỌNỤMA: Anyị ga-ewere nke a nọ n'ụlọ ebe a.

OBIDIYA: Nke a dị mma nke ọma.

ỌNỤMA: Ọ gwụla ihe anyị ga-eji aga?

OBIDIYA: Anyị nwekwara ike igburu abịrịka tinye ya.

ỌNỤMA: Ji, ọjị, ọkụkọ na...

OBIDIYA: Abịrịka.

ỌNỤMA: Anyị ga-eme ya otu ụbọchị ọ na-eleghị anya.

OBIDIYA: Ọ dị mma.

ỌNỤMA: Na Sọnde-ahịa, aga m eje ileta ndị enyi m n'Ụmụabalị.

OBIDIYA: Ọ gaghị abụ ugbu a. Ala dị ọkụ. Oriakụ nwere ike izi ndị mmadụ ka ha che gị



Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

n'ụzọ gbuo gị. Echefuela m ịkọrọ gị otu nrọ m rọrọ nwanne echi gara-aga.

ỌNỤMA: Ị rọrọ gịnị?

OBIDIYA: Ọ na-eme m ka ọ bụ na mmadụ, ka ọ bụ na nrọ. Ị nọ na-asa ahụ, sachaa, na-abọ isi. Dimkpa mmadụ atọ abata ebe ahụ, bulie okpiri kụọ gị, ị daa n'ala na-agba sikọ sikọ. Ha emie ala. Etiri m mkpu. Ndị mmadụ aza.

ỌNỤMA: Nrọ a dị njọ. Ma na onye e ji rọọ nrọ a bụghị onye ihe a rọrọ na-eme.

OBIDIYA: Ọ bụ ya, ọ bụghị ya, Enyi, anyị ga-akpachara anya n'izu a.

ỌNỤMA: Ana m apụ apụ? Enwere m ndị enyi? Ka m lee otu ọnwụ ga-esi n'ezi chụkụrụ m n'ime ụlọ. Ọ bata, ya na dimkpa ga-agba mgba.

OBIDIYA: Ka ya ghara ị bata. Ka ero ghara ipu, nkata adịghị.

ỌNỤMA: Emio! Chi lee ọba aka m.

OBIDIYA: Onye Chi na-azọ ga-agba mbọ zọọkwa onwe ya.

ỌNỤMA: Agaghị m ekwere na nnenne m lọrọ m ụwa mụ enyegbue ya na nri.

OBIDIYA: Ize bụ nka.

ỌNỤMA: Ọchụ nwa ọkụkọ nwe ada.

OBIDIYA: Chineke aghaghị iche anyị n'aka onye iro anyị.

ỌNỤMA: Mmamma, Ka m laba. Ike gwụrụ m nke ukwu.

[*Ọnụma a laba, Obidiya ebulie ihe nile ha jiri rie ihe.*]



OBIDIYA: Ụwa ụmụ nwanyị. Nwoke nwamgbom alabala ihi ụra ya. Aga m ikwere nke a sị na m ga-alọ ụwa nwoke n'ụwa ọzọ? [*Oge o mesiri ọ laba. E mechie kọtịn.*]

ORIAKỤ *abata, nwantịntị oge, Gogo abata.*

GOGO: Ogbuu na mmadụ abụọ ọzọ nọ n'ezi na-eche.

ORIAKỤ: Ka ha bata.

[GOGO *e jee ịkpọta ha.*]

GOGO: Lekwa ha, onye nwe m.

ORIAKỤ: I meela, ezi nwa m. Ndị enyi, ụnụ abịala?

HA NILE: Eeee! Ndewo.

ORIAKỤ: Ndewo. Igbudu mmịrị ebupụtala ajụala.

HA NILE: Ọ bụ otu o si adị.

ORIAKỤ: Unu abịala?

HA NILE: Eee!

ORIAKỤ: Ka m meenụ omenala Igbo.

[Ọ *kpọ Gogo.*]

GOGO: Ụnụ abịala. Nna anyị ị kpọrọ m oku?

ORIAKỤ: Ee, Jee wetara m ọji ngwa ngwa. Wetakwa ọkwa ose.
Weta mmanya ọkụ—kaịkaị.

[GOGO *wete ịhe ndị ahụ.*]

ORIAKỤ: Ọjị abịala.

HA NILE: I meela.

ORIAKỤ: Gogo, i meela. Nyetụ anyị ohere nwantịntị oge. E kwekwala ka onye ọ bụla bata. Onye chọọ m, gwa ya na mụ anọghị ya.

GOGO: Nna anyị, anụla m. Aga m eme otu i sị chọ.



Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

[*Gogo apụọ.*]

ORIAKỤ: A na-echezi gịnị?
Metụnụ ọji na mmanya ọnụ.
[*Ha elee onwe ha anya. Otu onye n'ime ha ewere mma nta waa ọjị*].
[*Oriakụ ewere aka ọji ya. E mesịa ha kee mmanya.*]

HA NILE: Ndewo. I meela ọjị.

ORIAKỤ: Nke unu mere ka. A sụpụ ihu ọrụ, amụzie mma.

OGBUU: Gịnị kpatara awọ ji agba ọsọ n'ehihie a?

ORIAKỤ: Ma aka akpaghị nkwa, ọ naghị ekwu okwu.

OMEIFE: Ị ma na onye a kpọrọ oku, na ntị na-adị ya ọkụ ịnụ ihe a kpọrọ ya.

ORIAKỤ: Ama m, ngwugwu a ga-atọ atọ, anaghị emị ya mbọ.

DIỌGỤ: A tọpee ihe dị na ngwugwu ka obi jụọ nwata.

ORIAKỤ: Ka m bịanụ.

HA NILE: Rịdata, Dimkpa.

ORIAKỤ: O nwere ogwu na-adụ m n'obi. Ọ naghị ekwe m ịrahụ ụra. Ọ naghị ekwe m odidi. O mere ka m bụrụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Ana m eteta ụra n'etịtị abalị n'ihi ya.

OGBUU: Ọ bụ gịnị?

ORIAKỤ: O nwere otu ụdele bere m n'elu isi.

OMEIFE: Udele bere gị n'elu isi chọrọnụ ọnwụ.
Ọ chọrọ ọnwụ
Onye na-achọ ihe hụ ihe ọ na-achọ ya gbakwala ọsọ.



ORIAKỤ: Echeghị m na onye nke a ga-agba.

OMEIFE: Ọ ga-ewere ihe ahụ ọ chọrọ.

ORIAKỤ: Unu ma Ọnụma Ejimọfọnna?

HA NILE: Nke ọcha nwere ụsara eze?

ORIAKỤ: Eee! Isi na-awa m taa si ya n'aka.

OGBUU: Nwata sị na nne ya agaghị arahụ ụra, ọ gaghị arahụkwa nke ya. A sị na nwa ahụ gbara gị akwụkwọ na kọt?

ORIAKỤ: Ọ bụ ihe na-eme n'oge ugbu a. Obere nwa were m gaa kọt. Ọ rapụrụ ịbịakụte m n'ụlọ dị ka ndị nnanna ya si eme sị ka mụ na ya guzo kpee ikpe kọt. O kpechaa merie m.

OMEIFE: O meribeghị. Ama m na ọ bụ ihe kpatara iji zie anyị ozi.

ORIAKỤ: Nwafọ Diala? Ị nọ m n'obi.

DIỌGỤ: Ị chọrọ ka ọgọdọ mechie ya anya.

ORIAKỤ: Mechie ya kpamkpam. Ọ bụrụ na nwata kpụụ ụdọ ehi, ehi adọkpụrụ ya na ụdọ dọba n'ime mmiri, ọ hụ ụdọ ehi ụbọchị ọzọ ọ gbaa ọsọ.

OGBUU: Okwu Igbo! Ọ bụ ka o si adị. Ị chọrọ gịnị kpọmkwem?

ORIAKỤ: Wepụ ya taa ma ọ bụ echi.

OMEIFE: Ọ dịnụ mfe.

DIỌGỤ: Ọ bụ pam, ka ọ bụ ọnwụ nwayọ-nwayọ?

ORIAKỤ: Achọọla m, chụkwa ya n'ụzọ nile dị iche iche, ike ya agwụla m. Achọrọ m ka e fepụ ya isi; ka majistreti ịberịbe mata na o nwere kọt ka kọt, ebe anyị na-achị.

OGBUU: Ị chọrọnụ gbupu tụpụ!



Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

ORIAKỤ: Gbupu ya tụpụ ya ka m zụrụ ike, mụ anwụọ.

OMEIFE: Ị gaghị anwụ. Ozi e ziri anwụrụ ọkụ e ruela elu igwe.

ORIAKỤ: E mee otụ ahụ, obi m ga-enwe ezigbo aṅụrị.

DIỌGỤ: N̄ụa mmanya, rapụrụ anyị udu.

OGBUU: E gbụo nwa mkpị izuzu alala. Ma ịma ihe dị ebe ahụ.

ORIAKỤ: Ego. Ama m. Ọ dị chịm.

OMEIFE: Ị ga-emenụ omenala.

ORIAKỤ: Ọ kwa iri abụọ?

DIỌGỤ: Iri abụọ

ORIAKỤ: Unu ga-ewere ha nile ugbu a, ka unu chọrọ ịbịa ọzọ?

HA NILE: Otu ọ masịrị gị.

ORIAKỤ: Ka m wetachaa ha nile ugbu a.

HA NILE: Ngwanụ.

*[Oriakụ abaa ime ụlọ were ego bịaghachi.]*

ORIAKỤ: Ewetala m ihe anyi kwubiri. Ọkụkọ eghechala kama ọ fọdụrụ n'olụ.

OGBUU: Ole nke ọ bụ?

OMEIFE: Ọ ga-abụ ịdụ isi ka ọ na-ekwụ okwụ banyere ya.

DIỌGỤ: Ọ dị m ka ọ bụ ya.

ORIAKỤ: Ị na-amama a jụ?

OGBUU: Kedụ ụdị ị chọrọ? Ọ bụ nke ndị ụka ka ọ bụ dị ka omenala nna anyị si dị?

ORIAKỤ: Ya bụrụ mmanya naọbara. Omenala ichie.

OGBUU: Ọ dị mma.

*[Ọriakụ e weta agụba na iko, na mmanya; ha nile eweputa ọbara n'aka ha tinye ya n'ime iko ahụ e tinyere mmanya.]*



OGBUU: Ọ bụ m ga-ebụ ụzọ dụọ?

HA NILE: Ngwanụ.

ORIAKỤ: A naghị arapụ isi gaa gwọọrọ ọdụ ajụ.

OGBUU: *[Burummanya n'aka.]* Ọbara ọgbụgba ndụ! Ichie uku, Ichie nta! Ọ bụrụ na m nara Oriakụ ego ghara ịrụ ọrụ anyị kwubiri okwu ya, ka ị mee m ihe sọrọ gị. *[Ọ ṅụọ ọbara]*.

ORIAKỤ: Okwu ọma.

OMEIFE: Ọbara! Ị bụ arụ ka arụ. Ị na-ahụ ụzọ karịa mmadụ. Ọ bụrụ na m rụgbụe Oriakụ nara ya ego na-alụzighị ọlụ anyi kpebiri ekpebi mee ka i si eme m.
*[Ọ ṅụọ ọbara]*

ORIAKỤ: Okwu bụ ndụ.

DIỌGỤ: Ọbara! abụ m onye ozi. Ana m ejere onye ọ bụla ozi. Taa, Oriakụ eziela m, aga m ejere ya. Onye ọzọ zie m echi, a gakwa m eje. Ọ bụrụ na m nara Oriakụ ego ghara imezu nkwa anyị kwere—ọ bụghị nanị m oo! *[Ọ tugharịa anya lee Ọriakụ.]* Ọbara mee m ka i si eme, ma ọ bụghị ya, ndụ m na nka isi m. *[Ọ ṅụọ ọbara]*

ORIAKỤ: Ọ gaala

OGBUU: Nke ahụ ebiela

HA NILE: O biela

ORIAKỤ: Unu ga-ewerenụ ihe unu.

*[Onye ha ego.]*



Abuse of these privileges jeopardizes

do not remove this strip

OMEIFE: Tutu ụbọchị atọ a gaa, ị ga-ahụ otu.

ORIAKỤ: Ya mee otu ahụ, m ga-atụrụ unu ezigbo mmamma, n'ihi na unu efopụla m ogwu ahụ na-adụ m n'obi.

DIỌGỤ: Ghara. Siere m ede, hapụrụ m abara.

OGBUU: Ọ dị m ka anyị ga-ala?

OMEIFE: Ụla ẹ meela.

DIỌGỤ: Oriakụ, o meela.

ORIAKỤ: Otu unu katara.

OGBUU: Ka e mesịa.

ORIAKỤ: Ndewo.

OMEIFE: Ka anyị gaa bịa.

ORIAKỤ: Ụka adịghị ya.

DIỌGỤ: Ka e mesịa.

ORIAKỤ: Ndewo.

KỌTỊN

N'ULỌ ỌNỤMA.

ỌNỤMA: Chineke nyere m gị abụghị onye ewu ma ọlị. Ọ na-ewuta m nkẹ ukwu ma ịnọdụ dị ka onye na-eru uju.

OBIDIYA: E nyekwala obi gị nsogbu. Ama m na ọ na-ewuta gị. Amakwa m na ị nwawo ike gị maka ya. Mkpa na-akpa mkpụrụ obi bụ mkpa dị ike. Obi adịghị ezu ike ma o nwetabeghị ihe ọ na-achọ.

ỌNUMA: Agwala m gị banyere echiche nwa(i kwere n'ihi ya) na-anwu n'ime obi. Onye gara-egbụ onwe ya maka enweghị nwa bụ mụ onwe m. Nwoke pụtara ụwa, lụọ nwanyi, na-enweghị nwa, ị ma obi agaghị na-atọ ya utọ. Ebugara m Chineke ihe nile n'ekpere. Otu ọ masịrị Chi. Ewepụla m uche m. Chima. Ogechi ka mma; Otu ọ masịrị Chi. Ị na-eche echiche a, ị na-eme ka obi m na-alọ mmịrị. Chi na-enye nwa. A naghị azụta ya n'ahịa, onye ike eketaghị ya. Ị ga-agba mbọ mechie oke echịche, ị ma cheta ọzọ. Achọghị m ka anyị nwee ihe anyị na-achoghị.



ỌBIDIYA: Anụla m. Ị ma na nwa dị mkpa.

ỌNỤMA: Ama m. Ebe anyi na-enwetabela nwa, anyị ga-egbu onwe anyị? Oge chi ka. Ya sọ ya, ọ dị mma, ma ọ sọghị ya, ọ dị mma. Udele sị na nwanyị ya mụta nwoke ya kpọ ya, Ọkpara udele; ọ mụta nwanyị, ya kpọ ya, Ada udele; ọ nwụọ ka ọ na-amụ nwa, ya mara na ihe oriri adaala. Nwa bụ ngọzi, ọ bụghị isi ọlụlụ.

OBIDIYA: Ebe ị sị ọ dịwa, ya dịwa.

ỌNỤMA: O nwere ebe mmadụ ga-ejeru rapụrụ Chineke nke fọdụrụ.

OBIDIYA: [*Ọ hichaa anya ya.*] Ị ga-eri nrị ụgbu a?

ỌNỤMA: Afọ m juru eju.

OBIDIYA: Mụ nyenụ gị mmiri ka ị saa ahụ?

ỌNỤMA: Ịme ahụ nile na-eme m kpọdụkpọdụ. Obi m na ahụ m ezukataghị.

OBIDIYA: Ị ga-akpọ anwụrụ?

ỌNỤMA: Nye m, nne m, m'ewere kụgasịa obi. Ị bụ Obidiya n'ezie.



Abuse of these privileges jeopardizes

OBIDIYA: [*O were nkoto anwụrụ nye ya.*] Ọ fọdụ-kwara?

ỌNỤMA: Ọ dị ya. Mma mma. [*Ọ palie nkoto elu, nyochaa ya, kụ ya n'ikpere, tụrụ anwụrụ kpọọ.*] Eri ebe! Ntụrụ ntụrụ na-agwụ akụ!

OBIDIYA: O ruekwala mgbe ị ga-akwụsị ihe a?

ỌNỤMA: Anwaala m. Ị ma. Ọ naghị ekwe m mkpata.

OBIDIYA: Ọ baala gị ụtụrụ isi.

ỌNỤMA: Ya bụrụ nmehie, biko, gbaghara m.

OBIDIYA: A gbaghara m gị taa?

ỌNỤMA: Mma mma, ezi nwanyi. A mara ghara bụ ụtọ di na nwanyi. Chetakwa zụtara m echi mgbe ị ga-aga Eke-olili.

OBIDIYA: Ana m anụ

ỌNỤMA: Anyị buru ụwa anyị laba nke taa.

OBIDIYA: Ngwanụ.

KỌTỊN

[*N'ụlọ ndị ogbu isi ebe ha na-anụ mmanya.*]

OGBUU: Ahịa anyị na Oriakụ abụghị ajọ ahịa.

OMEIFE: Maka gịnị?

OGBUU: Ego o nyere anyị abụghị ego nta.

DIỌGỤ: Nke ahụ abụghị ezi ahịa. Ọ bụrụ na anyị enweghị ike napụta ụdị mmadụ ndị a ndị na-achọghị egbe bere, ugo bere, ọ bụ n'aka onye ka anyị ga-ahịọpụta ego? O kwesịrị ịmesi ike n'ezie.

OGBUU: Echiche ndị a abataghị anyị n'obi n'oge.

OMEIFE: A sịkwanụ na anyị chetara gịnị ka anyị gara eme?

DIỌGỤ: Jide ya napụta ego. O ji.

OGBUU: O lee ụzọ ị ga-esi anapụta ya ego?

OMEIFE: Gwa ya ezigbo ego ọ ga-akwụ.

OGBUU: A gwakwanụ ya ma o kweghị?

DIỌGỤ: Ọ bụghị onye ihe dị mkpa.

OGBUU: Nke a bụ ezi okwu. Ma na agwọ alala; ka anyị ghara ịkụ osisi n'ala n'efu.

OMEIFE: Anụ abaala ite laa.

HA NILE: O fepụrụ efepụ.

OGBUU: Ya bụrụ ụrụ, ya rie ya. Ọ ma ihe anyị ma.

OMEIFE: Eziokwu kwa. Ma na Oriakụ kwesịrị imesi ike. M cheta ọlụ ọjọọ nile nwoke a lụrụ n'obodo, anyị ga-ahụ na o kwesịrị imesi ike.

DIỌGỤ: Oriakụ dị njọ! Ọ bụ na nwoke ekweghị ka ọ nara ya ala nna ya ka ọ chọrọ iwepụ ndụ ya!

OGBUU: Nke ahụ bụ okwu aka ha. Ihe anyị bịara bụ ọlụ.

OMEIFE: Mana nke a apụtaghị na anyị enwekwaghị akọ na uche. Ihe na-eme n'ụlọ ewu nwekwara ike ime n'ụlọ ọkụkọ.

OMEIFE: Onye o nweghị ihe o bụ, enweghị nke ọ ga-akụwa.

DIỌGỤ: Iwu bụ na anyị ga-alụrịrị ọlụ anyị.

OGBUU: A ga-ekworo na onye eze nfo abịaghị ahịa, a sị ka e bụrụ obi anụ laa n'ahịa.

OMEIFE: Ọlụ anyị achọghị inyocha akọ na uche.

Anyị nyochaa akọ na uche, agụụ ga-agụgbụ anyị.

DIỌGỤ: Ụwa nke a sef! Onye chọkarịa ihe ya, o soro ya fuo.

OGBUU: Nke a atọghị ọchị. E sochaa, e sokwụrụ.

DIỌGỤ: Ọ dị egwu! Ọnụma, nke gị agaala n'ụwa nke a. Anyanwụ gị a daala n'ụtụtụ. Irisịa nke ehihie taa, n'anyasi echi, nke gị agwụ.

OGBUU: O lee oge anyi ga-eje ije a?

DIỌGỤ: [*Palie iku elu, kọọ ọkọ n'isi.*] Atañụ gafee asaa.

OMEIFE: Oge ahụ adịghị mma. ọ dị oke ụtụtụ. Chi agaghị ejima nke ọma.

OGBUU: Echekwara m otu a. Ka anyị ghara ị bụ nte jiri ụkwụ ya gbapue onwe ya afọ.

DIỌGỤ: Maka gịnị?

OMEIFE: Oge ahụ adịghị mma. Ndị mmadụ ga-amata.

DIỌGỤ: Ọ dị mma. Oge ahụ nwanyị ya nọ n'ahịa Eke. Ị ma na ụmụnwanyị ụfọdụ na-azụkarị ahịa abalị.

OGBUU: Oleekwanụ maka ndị mmadụ na-agaghari kpororom-hịararam, n'oge ahụ? I cheghị na ha nwere ike ịbata?

DIỌGỤ: Onye jee ịje n'oge na-ekwesịghị ekwesị, ma ọ bụ n'ebe na-ekwesịghị ya ije, n'oge ọjọọ, ihe ọ hụrụ n'ije o werenụ. Mana ama m na ebe ha bi dị oke ndịda. Ndị mmadụ anaghị eje ebe ahụ n'ụhụda chi. E nwere ike gbuchaa mmadụ, bọọ anụ ya, ọ dịghị onye ga-anụ pịm.



Omeife: Okwu gị bụ na oge ahụ dị mma.

DIỌGỤ: Eee!

OGBUU: Ịje dị mma, mụ kpọ onwe m; ọ dị njọ, ị kpọ anyị.

DIỌGỤ: Ọ bụ ka e si ekwụ. Mana ama m na ọ gaghị ajọ njọ.

OMEIFE: Ama m na ọ ga-aga siririm wererem. Nke ka nke, ọ bụrụ na nwanyị chie ntị bata oge anyị na-alụ ọlụ, ihe mere di ya emee ya, obi ga-atọ Oriaku ụtọ, n'ihi na ogwu gara anọchiri ya ụzọ apụọla.

HA NILE: Ezi okwu.

OGBUU: Onye ga-achụ ụgwa alala.

OMEIFE: Mana okwu agwụbeghị.

DIỌGỤ: Olee nke fọdụrụ?

OMEIFE: Ozu?

OGBUU: Ozu gịnị?

OMEIFE: Di na nwụnye.

DIỌGỤ: Ị ga-ata ha ata?

OMEIFE: Anyị anaghị erinụ ozu eri.

OGBUU: I chọrọ anyi mee gịnị?

OMEIFE: A ga-ahapu ozu ebe ahụ?

DIỌGỤ: Ọ bụkwanụ ezigbo ajụjụ. A hapụ ha ebe ahụ, ndị mmadụ ga-eme ụzụ, tiwa mkpụ. Ndị ụwe ojii agbakiriwe ala achọ onye ha ga-ejide na onye ha ga-ahapụ. Ndị mmadụ atụwa ibe ha aka. Ha nwekwara ike ịtụ anyị aka.

OMEIFE: Ị nọ m n'uche.

OGBUU: Ezi okwu kwa. Di na nwanyị gbazie izuzu, ibe ji ezuo ikwe ji atọ.

HA NILE: Ọ bụ ya.

OGBUU: A ga-eme gịnị?

DIỌGỤ: Echere m na a gaghị egbụ ha pam kama dim.

OMEIFE: E gbuo pam, ọbara a chaa.

OGBUU: Ọbara na ndị uwe ojii so.

HA NILE: Eee!

DIỌGỤ: A gaghị eji mma.

OMEIFE: Ha ga-abụ ndị a na-achọ achọ.

OGBUU: Zoo ha ezoo.

HA NILE: Eee!

OGBUU: A chọkata e zụrụ ike.

HA NILE: Ụka!

OGBUU: Onye ọzọ pụtara ịchọ ihe na-agbasaghị ya ewere isi ya chụọ aja.

HA NILE: Ọ ka o si adị.

OMEIFE: Ọ dị m ka ọ kwarala.

HA NILE: Ọ kwarala.

OGBUU: Ka m kee ego.

HA NILE: Keenụ.

[*OGBUU e were ego ha natara Oriaku kee ya.*]

OGBUU: Chetakwanụ oge anyị kpebiri.

OMEIFE: Mmadụ ọ na-aga ije ghara ụkwụ ya?

OGBUU: N'agiga ọhịa ahụ dị nso ụlọ ya, n'aka ekpe, aga m edebe ọmụ nkwụ ebe ahụ.

OMEIFE: Ọmụ nkwụ ga-emebọ anyị. Ọ ka mma ka anyị si ebe a gawa.

DIỌGỤ: Olee ihe ndị mmadụ ga-eche ma ha hụ ka anyị atọ na-eje ije n'oge abalị?

OGBUU: Ha nwere ike ibo anyị ebubo n'ikpe azụ.



OMEIFE: Agwọ tụpụta isi, ka amapụkwa ya mgbe ahụ.

DIỌGỤ: Anyị atọ agaghị eso otu mgbe.

HA NILE: Ọ dịghị.

OGBUU: Ya dịwanụ n'ọmụ nkwụ?

HA NILE: Nke ahụ akwarala.

OGBUU: Ụka a kara aka e jinụ isi ekwe ya.

HA NILE: Ezi ụka.

OGBUU: Ka e mesịanụ.

HA NILE: Ka e mesịa.

OGBUU: Mma mma.

HA NILE: Mma mma nwa afọ

[*Ha nile apụọ.*] KỌTIN.

N'ULỌ ỌNỤMA

OBIDIYA: Ime ahụ agaghị m aga. Obi m na-aga ka elekereanya. Ahụ ekweghị m imegharị. Abalị nke taa ụra abaghị onye ọ bụla anya. Ihe fọdụrụ ikpiikpii bụ iti n'ite ofe. Mgbe m tetara ụra azụzụ gbara ụlọ nile gburu gburu. Añụ juru ezi nile taa. Chineke ọgu oo! [*Ọ palie aka elu*].

[O LEGHARỊA ANYA EBE NILE TUPU ANYA-YA HỤ AGWỌ N'AGỤGỤ ỤLỌ.
O TIE MKPU, KPỌKỤO ỌNỤMA. ỌNỤMA ESI AZỤ ỤLỌ GBATA.]

ỌNỤMA: Ọ bụ gịnị? Ọ bụ gịnị?

OBIDIYA: Biaaaa! Ala agbawala.

do not remove this strip

**ỌNỤMA:** Ọ bụ gịnị? Obidiya, ọ bụ gịnị?

**OBIDIYA:** Lee! [*Ọ tụara ya aka n'agụgụ ụlọ.*]

**ỌNỤMA:** Gịnị!

**OBIDIYA:** Etile mkpu.

**ỌNỤMA:** Zinụ m ihe ọbụ.

**OBIDIYA:** Ị hụghị eke di n'okpụrụ beedị. [*O nyochaa nke ọma.*]

**ỌNỤMA:** Ahụla m ya.

**OBIDIYA:** Anyị ga-eme ọlia?

**ỌNỤMA:** Ajụjụ gị dị mma. Ị ma ihe ọ bụ n'ala anyị.

**OBIDIYA:** Eke ọ bụ ihe ọzọ karia agwọ?

**ỌNỤMA:** Ọ bụchaghị nanị agwọ. Ọ karịrị agwọ. Ọ bụ ehihi mmadụ.

**OBIDIYA:** Ihe na ihe ọ bụ, agwọ kwesiri ibi n'ọhia.

**ỌNỤMA:** Anụla m. Nye m mmanya ọkụ n'iko. [*O weta mmanya nye ya.*]
[*Were aka nri tụpụ mmanya jụwa ogu.*]
Eke nwe ala, Eke nwe ọhia, Amadi dị ike, anaghi ahu gị mpọ. Gịnị bu gị bịa ije a? Ì hapụrụ ala eze gị bia i me gịnị n'ebe a? [*Ọnuma akwụsi ǹaa nti.*] Ọ bụrụ na ibiara ije ọma, were nwayọ bịa rie ọramanu a dị gị n'irụ. Mee ka ị si eme. Bịa ngwangwa. E tufula oge. I risia nri gị, were nwayọ laa. [*Ọ kwụsị lewa anya.*] Bịa, bịa, eze nwoke bịa. E tufula mgbe. Lee aka m abụọ dị ọcha. Echebeghị m echịche ọjọ n'ebe mmadụ ibe m nọ. Agabeghị m aja, ma ọ bụ gwọọ nsi ị ji wepụ ndụ mmadụ ibe m. Bia were nwayọ laa. Laa ebe ịbị. Ị nọkarịa nke a, ya bụrụ na ị biara ije ọjọ. Ị chọghị la? Ị chọrọ ọgụ na mgba? Jikerenụ. [*Ọnụma a pụọ ezi, were mma ya bata.*]



**OBIDIYA:** O fuela.

**ỌNỤMA:** Fuela!

**OBIDIYA:** Eee!

**ỌNỤMA:** Ebe ọ si na yà bụ dimkpa, ọ gara a nọdụ ka dimkpa na dimkpa zụte kwerịta n'aka.

**OBIDIYA:** Enyi, ụjọ dị m. Ihe a bụ uchi ọjọọ.

**ỌNỤMA:** Ama m. Uchi na-echiri mmadụ, ọ naghị echịrị anụ ọhia.

**OBIDIYA:** Olee ihe anyị ga-eme?

**ỌNỤMA:** Ụjọ adịghị m. Onye enweghị ihe o bu, enweghị ihe ọ ga-etiwa

**OBIDIYA:** Ama m na onye enweghị ihe o tinyere n'ime akwụkwọ nri ewu, anaghị ala ọrụ mgbe abalị. Kama agụchaa agụgharịa.

**ỌNỤMA:** Udele si, Ole nke ya na baba. Ekẹ alaala.

**OBIDIYA:** Ọkụkọ eghesịala, ọ fọdụrụ n'olu.

**ỌNỤMA:** O nweghị ihe anya hụrụ gbaa ọbara. Ụjọ agaghị atụ m. Ọ bụrụ na m nwụọ taa, anwụghị m na nwata.

**OBIDIYA:** Ya dịwa. Ka m jikere gaa ahịa Eke.

**ỌNỤMA:** Jikere gaa. Ọ dịghị ihe ga-eme. Zụta ihe ahịa.
[*Obidiya ebụrụ abọ ya gawa ahịa.*]
[*Ụmụ nnadị abata.*]

**ỤMỤ NNADI:** Chi nile dị iche iche.
Bi n'obodo ọma nke a,
Ndị ichie ukwu, ndị ichie nta
Unu ga-anọ lee ihe nile gaje ime?



Abuse of these privileges jeopardizes

O nwere ihe unu na-amaghị?
O nwere ihe unu enweghị ike igbochi?
Unu ga-ahapụ ka o rigide nwa ogbenye?
Ka ogbenye nwụọ ọnwụ ike, tinyekwa na ogbenye?
Egbe bere ụgo berenụ.
Nku otu nnụnụ ọ ga-sachi elụ osisi?
Ka egbe bere ugo bere.
Obi na-alọ m mmiri, anya mmiri erujuela igwe
N'ihi na ọ na-ewuta mkpụrụ obi.
Na ndị Chukwu gọziri agọzi
Na-ewere onyinye e nyere ha megide ibe ha,
Bụ onyinye ọtụtụ ndị na-achọ achọ
N'anya mmiri, na-achụghị ya.
Ha ji ngọzi eme mma na njọ,
E ji ya etikasị ụlọ ikwu nke a.
Kpaa oke n'ebe ha na mmadụ ibe ha nọ
Na n'ebe Chukwu dị.
Ọ bụrụ na a sị ka ọgaranya
Were akụ ya mebie ogbenye
Ọ bụ mmadụ ole ga-ebi?
Ọ basị dị n'elụ, biko, bilie
Chịa obi gị ka *ị* ghara *ị* ma n'ọnya
Nke ndị iro siri debere gi,
N'ihi na ọ dị mma ka ụgba daa
Mkpụrụkpụ ya e guzo
Ka Chị gị zi gị (ihe iriba ama)
Gbochie gị ị lata n'oge.
Ewo! Ewo! echi gara aga, ọgaranya



Mma agha gị fepụrụ isi Salomi.
Ị chere na o nweghị onye ma?
Taa, taa, Ọnụma, anyị amaghị
Uche onye nwe anyi, uche Chi anyị.
Ọbasị dị n'elu, biko, mee ebere.
Eze igwe mee ebere zọpụta
Mana ọ bụrụ na ị merie, ọgaranya.
Anyị ma nke oma, kwekwara
Na oke tara anyị n'ụkwụ
Ga-ajụ gị ọdụ.

[*Ha apụọ.*]

KỌTỊN

[*Ọnụma nọ n'ụlọ ya na-abọ isi; chepụ azụ n'ezi. Ndị ogbụ isi abata kụọ ya okpiri n'olụ, were akwa kechie ya ọnụ, buru ya pụọ. A ga-emenyụ ọkụ ụgbụ a, tie egwụ irụ ụju rekọd anya mmiri, egwụ e ji ebụ ozu. "Anate" nke Lawson tiri dị mma. Ma ọ bụ egwụ Igbò nke ga-akwali mmụọ, mee ka ndị mmadụ chee echiche. Obidiya ga-abata bukwara abọ ya n'isi, na ihe nile ọ zụtara n'ahịa ọ ga-edebe ha n'ala gagharịa, legharịa anya.*]

OBIDIYA: O lee ebe nwoke a nọ? Ọ ga-asị na ya amaghị na m latala? Ọnụma! Ọnụma eee Ọnụma eee! Ọnuma eee! Ọ gara ole ebe n'abalị a? Nwanne Ọnụma eee! [*Ọ mụnye ihe ọkụ, lee ebe nile, hụ ọbara n'ala, na iperipe akwa ya tọgbọrọ n'ala. Ụjọ ejụ*



do not remove this strip
Abuse of these privileges jeopardizes

*ya arụ. O legharia anya, tie mkpụ.*] Ha egbuele ya. Ndị iro egbuele ya. E gbuele nwa mkpi izuzu alala. Ihe a bụ ọbara mmadụ, nke a bụ akwa jịọjị ya ọ gba oge m na-aga ahịa. Onye gbụrụ Ọnụma di m? Ọ riri ji onye? Onye ka o riri ede ya? Mụ na onye ga-ebi? Nwanyị ọ na-ebichi ọkpụ ụlọ? Enweghị m nne; agba m aka nna. Aga m ala ebee? Onye gburu Ọnụma egbụola m. Ya bịa were m. Ihe a ọ bụ ndụ? Anọ m nime mmiri ncha abaa m anya. Jei' jei'. jei! Ọnuma ekeele m obi.

O lee ebe Onuma di m gara?
*Eeeee! Eeeee!*
Ọ gara ole ebe n'abalị a?
*Eeeee! Eeeee!*
Ọ gara ole ebe hapụ Obidiya?
*Eeeee! Eeeee!*
Ọ hapụrụ Obidiya sị m nọrọ mee ginị?
*Eeeee! Eeeee!*
Mee gịnị n'elu ụwa nke a?
*Eeeee! Eeeee!*
Osisi mbrọda di m lei.
*Eeeee! Eeeee!*
Ihe m ji eme ọnụ di m lei.
*Eeeee! Eeeee!*
O gburu di m e mekeele m obi
*Eeeee! Eeeee!*
Ọbasị dị n'igwe ị nọkwa n'ụlọ?
*Eeeee! Eeeee!*



Ndị nwe m unu nọkwa n'ụlọ?
*Eeeee! Eeeee!*
Onye ga-azụtara m akwa?
*Eeeee! Eeeee!*
Onye ga-akwọrọ m, onye ga-eghere m?
*Eeeee! Eeeee!*
Ọnwụ i mekeele m obi n'ezie.
*Eeeee! Eeeee!*
Mmiri mara m agaghị akọ m akọ.
*Eeeee! Eeeee!*
Chi m! Chi m! ị mụkwa anya?
Ị mụkwa anya, chi ejiere m n'ụtụtụ?
*Eeeee! Eeeee! Heu! Heu! Heu! Heu! Heu!*

[*Ụmụ nnadi a bata.*]

ỤMỤ NNADI: Nwanyị ibe m, gịnị na-eme gị? Awọ a naghị agba ọsọ ehihie n'efụ. Akwa abalị abụghị n'efu.

OBIDIYA: Anwụ adaala n'ụtụtụ. Di m efuela. Nanị ọbara di m na iperipe akwa ya dị ebe a bụ ihe fọdụrụ.

ỤMỤ NNADI: Olee ndị gburu ọchụ nke a? Onye lụrụ ọlụ ọma nke a megide akọ na ụche; megide Chi?

OBIDIYA: Amaghị m ndị ha bụ. Ọbasị bị n'igwe ma.

ỤMỤ NNADI: Anyanwụ anaghị ekpụchị njọ.

OBIDIYA: Nke a ekpuchiela.

ỤMỤ NNADI: Iwu Chukwu adịghị agbanwe agbanwe. Eziokwu na-agba ka ọnwa. A ga-amarịrị ha.

| | |
|---|---|
| OBIDIYA: | Eji ọlịa ama, ebe ha gburu burukwa ozu? |
| ỤMỤ NNADI: | Dị ka mmiri enweghị ike iburu ọkụkọ bekee, òtú à ka ụtụtụ ma ọ bụ abalị agaghị enwe ike kpuchie njọ nke ndị mmadụ mere. Hichaa anya mmiri; kulie nwanyị ibe m. Èzì tasịa akpụ onye ubi ya dị n'agụgụ ọhịa, ọ ga-abarịrị etiti ubi. |
| OBIDIYA: | Ụmụnne m, m si añaa achọta ozu di m? |
| ỤMỤ NNADI: | Onye ụlọ ya tara ọkụ enweghị ike ijide oke. Ahịa ọhụrụ na-agba ụdele gharịị. Otu na otu o si dị, anyị ga-emeṛị otu ihe. |
| OBIDIYA: | Gịnị, ndị nwe m? |
| ỤMỤ NNADI: | Anyị ga-ejekuru ndị okwu na ụka. |
| OBIDIYA: | Ndị ole? |
| ỤMỤ NNADI: | Ndị okwu na ụka. |
| OBIDIYA: | Mmadụ ọ na-ahụcha ọkụ tịnye aka ya? |
| ỤMỤ NNADI: | Ọkụ ha ọ taala ạ́ gị mbụ? |
| OBIDIYA: | Ọ bụ ha debere ụlọ a otu a. |
| ỤMỤ NNADI: | Ezi okwu |
| OBIDIYA: | Ihe nile di m kpatara lara n'ịchọ ka e mee ka ezi okwụ gbaa ka ọnwa. |
| ỤMỤ NNADI: | Ị chọghị ka agwọ taa gị ugboro abụọ. |
| OBIDIYA: | Achọghị m. Mmadụ ọ na-ahụ isi kpuo? Ọ bụ nanị ngagharị ngagharị dị n'ije ha. Bịa taa, bịa echị. Olee ume m ga-eji kụgharịa ihe m kụrụ mbụ ugboro asaa? Ha bụ ọkọ nọ nwata n'ike; ike ruo ala, ọkọ araa aja. |
| ỤMỤ NNADI: | Nwanne m, ọ di m ka ị hujuela anya n'okwu na ụka. Ọ gaghị amasị gị ma ọ bụrụ na anyi hụ onye nwe ala gwa ya? |



| | |
|---|---|
| OBIDIYA: | Mee ka ọ mata. |
| ỤMỤ NNADI: | Anyị ga-ebili jee hụ ya ụgbụ a? |
| OBIDIYA: | E si añaa aga ije ọnụma nke a? |
| ỤMỤ NNADI: | Ije ụwa. Ọ bụ ka o si a dị. |
| OBIDIYA: | Ndị nwe m, agaghị m aga. Agaghị m! Onye gburu Ọnụma egbuela m. Agaghị m oọoo! Agaghị m oooo! Hapụ ọnwụ bịa were m otu mgbe. Ọ jụ, mụ emeta ihe ọnwụ. |
| ỤMỤ NNADI: | Nne nwanyị, e kwudịla ọzọ. Onye kụgbụe onwẹ ya maka ihe ụwa, oke ajụjụ dịrị ya n'òfé mmiri. |
| OBIDIYA: | Nta m'azaaa' M'azaaaa' Anyị nile ga-aza. Ọ bughị nanị m ga-aza ajụjụ. |
| ỤMỤ NNADI: | Azala, nwanyi ibe m. Anyi bụ ndị nne. Ọ bụghị ajụjụ nile kwesịrị anyị ịza. |
| OBIDIYA: | Unu na-agwa m na mmadụ ibe m ga-abata n'ime ezi a kụgbuo di m, buru ozu ya laa? |
| ỤMỤ NNADI: | Nke ka nke a e meela n'ụwa a. Ndịdị ka mma. |
| OBIDIYA: | Die gịnị? Die enweghị mmadụ! Die ụra atụghị! Die ogbenye! Ndị nwe m, ndidi nwere oke. |
| ỤMỤ NNADI: | Ezi ụka. Ị ga-edi. A chụla ụwa n'ike. Ịbe ji diwa oke ọkụ a sagheere ya ọnụ. Ọkụ nwuchaa bidi bidi ya rịdata na kata kata. Ịje ụwa. Ọ ka o si adị. |
| OBIDIYA: | Na nke a? |
| ỤMỤ NNADI: | Ọ bughị na nke ọzọ. A chụla ụwa n'ike. |
| OBIDIYA: | Ọ bughị na nke a. |
| ỤMỤ NNADI: | Were okwu dum si m n'ọnụ puta; o |

nweghị aghịghọ dị ha n'ime. Bilie, hụ ọnye nwe ala.

OBIDIYA: Ndị nwe m, ume adịghị m. Gaanụ.

ỤMỤ NNADI: Ka anyị gaa. Onye ihe mere ike na-agwụ ya. Soro anyị. Enyi, jikere.

[*Obidiya na-ejeghari, para aka n'isi.*]

OBIDIYA: Ada Ọnyịrị dike Agbaghegbe, ọ gị ka mmadụ ibe gị mere eteta ụra echeta? Ọ gị ka mmadụ ibe gị ga-azọ ụkwụ n'isi n'ihi na ị bụ nwanyị? Ọ bụ ezi okwu na ị ghọọla nwanyị na-enweghị di? Asị, Olee Ọnụma? Ọnụma m anọghị ya. Asị, a ghọla m nwanyina-enweghị dị. Ofe gbara ụka ogbenye jụrụ ajụ. Asị. Asị! Ụka adịghị ya. Oke tara m arụ, ga-ajụ gị ọdụ. Nụrụ olu m di m, di m Ọnụma. Agaghị m ezu ike rue mgbe ezi na ụlọ ahụ gburu gị jekwara ụdị ịje a ijere. Nwa Arụ maa ibe ya. Biko, di m ọma, tọpụ agbụ nke ịlị kulie, du m n'ije. Zi m ụzọ, nye m ike, mee ka m ghọọ nwoke buso ndị iro gị agha. Zipụta, n'ezie, na dim nwụrụ anwụ na-ahụ uzọ.

ỤMỤ NNADI: Nne, ghara. Chi ga-emecha.

KỌTỊN

N'ỤLỌ ỌGBUU

ONYE MBỤ: Kaa ụmụafọ.

NDI ỌZỌ: Kaa diala.



OGBUU: Nke ahụ a gaala.

OMEIFE: Ọ gaala.

DIỌGỤ: A sụpụ ihụ ọrụ, a mụọ mma.

OGBUU: Anyị ga-emenụ omenala.

DIỌGỤ: Gwaa aka, kpụpụ isi.

[*Ha ekwe n'isi.*]

DIỌGỤ: [*Na-ele onye Ogbuu anya.*] Megharia ahụ.

OGBUU: Maka ọkụkọ.

DIỌGỤ: Ị ma.

OGBUU: Na ekpem mmanya.

HA NILE: Otu ekpem.

OMEIFE: E mee ngwa ngwa e meghara ọdachi.

HA NILE: Ezi ụka.

[*Ọgbuu ejee iweta ọkụkọ na mmanya; mgbe ọ batara o debe mmanya n'elu oche were ọkụkọ jụwa ogu.*]

OGBUU: Ala ṅụa mmanya, Elu ṅụa mmanya, Anyị bụ ndị ozi. Onye ozi anaghị atụ ịlụ. Anyị bụ egbe; anyị mara gaa, anyị amaghị lọọ. Ọnuma, nwoke ọma, o nweghị okwu anyi na gị ji. Ị bụ enyi anyị oge ịdị ndụ. O wutere anyị na mmadụ ibe gị ziri anyi ozi a bụ ọlụ aka anyị. Anyị aluakwala ọlụ a, ma ọ dị ogozizi. Oriaku ziri anyị ozi, anyị ejekwaala ya. Ọ bụrụ na gị na nwanyị gị chọọ ịchụ ụgwa, anyị nọ ya. Ṅụa mmanya, ewela iwe. Anyị na gị ga-alụkọ ọlụ oge ọ bula ị chọrọ. Ọ bụrụ na iwe wee gị, mee ka dimkpa; kwatụ ya aka. Lekwa oke ọkụkọ ọcha. Elu na ala rie.

[*Ọ dọbie isi ọkụkọ*] Onye ọzọ nye gị aja erikwala. Nara mmanya ṅụa. [*Ọ wụpụ mmanya n'ala*]

NDI ỌZỌ: Ịlọọ, Diala.

OGBUU: Ndewo.

OMEIFE: Nke ahụ agaa. Ọ ga-abụ ịṅa ntị.

OGBUU: O nweghị ihe ga-eme. Ekechiela m anya ya. Nwanyị ya chọọ anyị, anyị nwekwara ike nyere ya aka mee Oriakụ ka o mere di ya.

DIỌGỤ: Mgbe nke ahụ ruru.

OMEIFE: I che na ndị uwe ojii enweghị ike bịa kpado anyị tinye anyị n'ụlọ mkpọrọ.

OGBUU: Na anyị mere gịnị?

OMEIFE: Na anyị gburu mmadụ.

OGBUU: Gburu onye?

ỌMEIFE: Gburu . . .

DIỌGỤ: Ụjọ ndị a enweghị isi. Ọtụtụ oge anyị na-akụtara onwe anyị ihe na-enweghị ike ime. Biko, chụpụ echiche enweghị isi n'obi.

ỌMEIFE: I chere na o nweghị ndị hụrụ anyị?

DIỌGỤ: Ha hụrụ gị; ọ bụghị anyị.

OMEIFE: Ana m ekwu maka a dịghị ama ama. Mberede nyịrị dike.

ỌGBUU: Gịnị bụ amaghị ama? Nsogbu nọọ n'elu osisi ka ị na-achọ ịbụdata n'ala.

OMEIFE: Ọ bụghị ibudata. Gharanụ.

OGBUU: E kwukwala ụdị okwu a ọzọ. Ọ lee ihe anya hụrụ gbaa ọbara?



OMEIFE: Ghara. Onye biko biko a na-egbụ ya mma n'ọba aka.

DIỌGỤ: Anyị agharala. Wepụ ụdị echiche a n'obi.

OGBUU: Ụkwụ nne ọkụkọ zọrọ nwa ya.

OMEIFE: Ọ bụ ka o si adị.

OGBUU: A ga-aṅụtụnụ mmanya tutu a taa anụ.

DIỌGỤ: Ọ bụ m tere ezi mmanụ?

OMEIFE: Onye na-akụ akpa na-ezi imi.

[*Ha ṅụa mmanya. Ọgbuu ejee azụ ụlọ bụte anụ ọkụkọ.*]

OGBUU: Ka m gwaa ya nsi. (*Ọ buru ụzọ ratụ mmiri ọkụkọ.*)

OMEIFE: I gbue anyị, ị ga-eri ụlọ anyị?

DIỌGỤ: Ọ chọrọ ịratụ mmiri ọkụkọ. O burula ụzọ ratụ.

OMEIFE: Mmiri ọkụkọ nke a atọgbuela onwe ya.

DIỌGỤ: Ọ na-atọ ka mmiri pusi.

OGBUU: Pusi bụ anụ ọzọ mmiri ya na-atọ niṅi-niṅi.

DIỌGỤ: Mana anụ pusi araghị ahụ ajụ oyi.

OGBUU: Ọ bụ ka ihe ụwa si adị. Mma na njọ.

OMEIFE: Nwanyị siri anụ a ji ọlụ.

DIỌGỤ: Ị ma ma ọ bụ nwoke?

OMEIFE: Nwoke siri ụdị a agaghị alụkwa nwanyị ọzọ.

OGBUU: O nwekwara ụmụ nwoke sikarịrị ụmụ nwanyị na nri.

OMEIFE: Onye nke ahụ aghọọla okokporo.

DIỌGỤ: Ama m na ọ bụ nwanyị gị siri ya.

OGBUU: Ụgadiya m siri ya.

OMEIFE: Ezi okwu.

DIỌGỤ: Ekwe m. Ka m sị. Ɵlee nwa nwoke ga-esi . . .

OGBUU: Gharakwa nke nwoke. Iwe wee nwoke ya sie aka-abaghị.

OMEIFE: Kpọọ ya ka anyị kelee ya.

OGBUU: Ghara nne m ahụ nọrọ n'usekwu.

OMEIFE: I mechaa i kelee ya.

OGBUU: Aga m ekele ya.

DIỌGỤ: Anụ nke a tọkarị anụ ọkụkọ kirikirichọ.

OMEIFE: Ugboro asaa.

OGBUU: Ọkụkọ kirikirichọ na-atọ mmiri mmiri. Ọkụkọ Igbo anyị na-esi ike n'eze.

OMEIFE: Ọ dị ka ewu Awusa na ewu Igbo.

DIỌGỤ: Ahaaa! Ewu Awụsa bụ ata-egbụgbụ-isi.

OMEIFE: Mma mma, diala.

OGBUU: Mu nyenụ gị mmiri ka ị saa aka.

[*Ọ weta mmiri nye ha. Onye ọ bụla asaa aka were akwa mmiri hichaa aka. O weta mkpọ anwụrụ nye ha.*]

OMEIFE: Ị ma ọlụ. Mma mma. [*O tinye ya n'ọba aka ekpe ya, sie n'imi.*] Ntụrụntụrụ na-agwu akụ. Eri ebe.

DIỌGỤ: [*Ọ nara iko tụrụ.*] Akụ nwata na-agba anya mmiri.

OGBUU: Ụtagba! Ka m tụrụ. I tụrụ anwụrụ enyi añụrịa; ị tụrụ nwanyị, di ya abịa ọgụ

OMEIFE: Ihe a na-akpọ akpọ bụ otu.

OGBUU: Ezi ụka. Egbe na egbe bụ otu.

DIỌGỤ: Ebe aka onye mkpụmkpụ ruru o kowe akpa ya.



OMEIFE: Ije ụwa. I mee. Kelee nwanyị siri ihe a.

DIỌGỤ: Sị ya mma mma. Sị ya O meela.

OGBUU: Nke unu mere ka.
Onye ọ bụla tọọ ntị n'ala. Ihe anya hụrụ, imi ahụkwala ya.

OMEIFE: Ọ dighị ihe anya hụrụ gbaa ọbara.

DIỌGỤ: Ọnwụ sie ike anwụọ ya ụbọchị Eke

OMEIFE: Anyị ga-ala.

OGBUU: Okwu adịghị ya.

OMEIFE: Ka e mesịa.

OGBUU: Ka e mesịanụ. Ịje ọma.

9/22

KỌTỊN

[*N'ụlọ onye nwe ala. Obidiya na ụmụ nnadi. Obidiya abata kụọ aka n'ụzọ*]

OBIDIYA: Uyapue! [*Ọ ñaa ntị*]

ONYE NWE ALA: O lee nwa na-akụ aka n'ụzọ?

OBIDIYA: Nna anyị ọbụ mụ o.

ONYE NWE ALA: Gi bụ onye ?

OBIDIYA: Ọbụ m Obidiya Ọnụma.

ONYE NWE ALA: Bata

HA NILE: Nna anyị, ị saala chi!

ONYE NWE ALA: Unu saala, nde !
Ọ gịnị bụpụtara ajụ ala n'isi ụtụtụ a?

OBIDIYA: Onye nwe m, ọ gharala n'elu mee n'ala.

ONYE NWE ALA: Ginị mere na oge ọjọọ nke a?

OBIDIYA: E gbuele ha di m.

ONYE NWE ALA: Onye?

HA NILE: Nna anyị, ọ bụ nke anyị nụrụ.

ONYE NWE ALA: Di gị ?

OBIDIYA: Di mmmm!

ONYE NWE ALA: E gburu ya egbụ ?

OBIDIYA: E eeeeee!

ONYE NWE ALA: Ole mgbe?

OBIDIYA: N'abalị.

ONYE NWE ALA: Ọbasị dị n'elu! Ọnụma ọ nwụọla? N'ebee?

OBIDIYA: N'ụlọ ya.

ONYE NWE ALA: Lekwanụ, na dimkpa anọkwala n'ụlọ ya nọpịa akpa amụ. Ozu ya tọgbọrọnụ n'ụlọ?

HA NILE: Ọ nọ ebe ahụ anyị na-ebe?

ONYE NWE ALA: Ọ nọ ebee?

HA NILE: Ha gbụrụ bukwara.

ONYE NWE ALA: Ụwa ndị Bekee. Ngwa agha Bekee wetara. Nke ugbu a ka bụ egbuo-eburu. Chineke ogu o! Ụwa nke a bụ gịnị, bikonụ?

OBIDIYA: Ndị ike egbuela buru.

ONYE NWE ALA: E ji ozu nwa onye ọzọ eme gịnị?

HA NILE: Onye ma?

OBIDIYA: E mee ma ọ raa ahụ.

ONYE NWE ALA: Omee-ma-ọra-ahụọ sị na ya alagbụrụla?

OBIDIYA: Ọ lala.

ONYE NWE ALA: Ọ bụghị mgbe e gbujiri ka ọ na-akpọnwụ.

OBIDIYA: Ha sị na ha emeriela Obidiya.

ONYE NWE ALA: E si aňaa emeri, nwa m? Ụwa buru ibụ. Mgbe onye na-eche na ya emeriela ka ihe ụwa na-agba ya ụgwọ.

OBIDIYA: Ndị a sị na ha emeriela m.

ONYE NWE ALA: Nwa m, mechie ọnụ. Oke tara gị arụ, ga-ajụ ha ọdụ. Ụdị a adịghị mbụ eme. Nsịkọ sị na ya anụghị anụ ọ ga-abụ n'obi ihu na obi azụ pịarakatam. Azị gba kwa. E ji aňaa ekwu ụdị a? Ọhanta dị mmadụ ole afọ na-agba mmadụ asaa?



OBIDIYA: Nke a bụ ihe m hụrụ. Ọnụma ekeela m obi. Mmiri ejula nwa awọ ọnụ.

ONYE NWE ALA: Ojula, nwa m. Ojula! Ụdị nke aaa!

OBIDIYA: Onye nwe m, agaghị m ekwe.

ONYE NWE ALA: Nwa m, ị ga-eme gịnị?

OBIDIYA: Onye tụrụ m n'ala ma mụ ataghị ya arụ, mụ anyụsa ya mmamịrị.

ONYE NWE ALA: Ị bịakwala na nke ọjọọ. Ịta arụ na ịnyụsa mmamịrị a bụghị ọlụ anyị. Ọbasị dị n'elu na-atagwara nke ka. Wepụ ọnụ na nke ahụ.

OBIDIYA: Ị sị ka m gbara aka di?

ONYE NWE ALA: Nke mere eme emechaala. Ụzọ ahụ ị chọrọ ịga anaghị aba uru. Onye ihu dị na njọ ahịa, onye azụ dịkwa na njọ ahịa. Ghara. Ghara iwe. Dede Iwe dị egwu. Ya na ọbara na Nfụ bụ ụmụnne. Nke ka nke, iwe ụmụ nwanyị. Egbe! Ọ nụrụ gaa, ọ nụghị lọgharịa. Ihe a apụala n'ụka amala. Anyị kawa ya ebe a, ndị uwe ojii nwere ike bịa ebe a kpụrụ anyị nile ga tụchie n'ụlọ itiri. Anyị ga-ebili gawa bariki ga gwa ha nke mere.

OBIDIYA: Ọ bụghị mụ na gị.

ONYE NWE ALA: Maka gịnị?

OBIDIYA: Onye ọzọ sị gị kpọrọ m gaa, ị gaghị ịjụ ịga?

ONYE NWE ALA: Maka gịnị, nne m?

OBIDIYA: Ọ bụ bịa taa bịa echi dowere m otu a.

ONYE NWE ALA: Nwa m, bịa taa bịa echi dị n'okwu na ụka abụghị nke nta. Ụka ndị uwe ojii dị egwu. Onye ikpe mara na-etinye ihe, onye ọ lara nakwa atụnye ihe. Anyị ga-ekwere na onye-eze-nfo abịaghị ahịa anyị sị ka e buru obi anụ laa.? Anyị ga-aga. Nri ọjọọ kpọrọ ikwe ọnụ n'ala.

OBIDIYA: Ana m anụ ihe ị na-ekwu. Mana ihe a na-agba na ntị anaghị agba ya n'anya. A gbaa ya n'anya, anya akpọọ.

ONYE NWE ALA: O rubeghị nke ịgba n'anya.

OBIDIYA: Onye nwe m, agaghị m eje, unu bukwara ozu m gawa ebe ahụ, ọ gaghị ekwe jee. Onye kwe, ozu ya ekwe.

ONYE NWE ALA: Nwa m, ozu anaghị atụ ụka.

OBIDIYA: Hapụ nke ahụ. Onye kwe, chi ya ekwe.

ONYE NWE ALA: Ị na-achọ ị bụ ozu nwa bekee. E buru ya gaa n'ihụ ọ sị, "No, no, no". E buru ya gaa n'azu ọ nọkwa na "No, no, no". Ji ekeghị eke, egwughị ya egwu, ọ ga-atọ n'ala?

OBIDIYA: Ya bụrụ mmehịe, biko, gbaghara m. Ebe nwata na-ebe akwa na-atụ aka, ma nne ya anọghị ebe ahụ nna ya nọ ya.

ONYE NWE ALA: Olee ihe ị chọrọ ime ugbu a?

OBIDIYA: Ihe a m na-agwa gị.

ONYE NWE ALA: Ị ga bariki.

OBIDIYA: Bariki gịnị? Bariki gbaakwa ọkụ.

ONYE NWE ALA: Ọ pụala n'egwu. Nne, ị na-ekwusi ike?



OBIDIYA: E ee!. Echiche mmadụ chere gbuo onwe ya, o cheghị ya otu ụbọchị.

ONYE NWE ALA: Ndị ugbu a, gịnị mere unu anaghị anụ ihe okenye na-agwa unu? Okwu okenye fuchaa ụzọ, e mesịa ọ pụtakwa.

OBIDIYA: Ọ bụghị irụ ọnụ. Biko, nna m, wepụ ọnụ. Ihe mere n'imi memiri ememi.

ONYE NWE ALA: Ebe ị na-eruela ụlọ m, ị ga-agba mbọ, kwere nke m na-agwa gị. Abụghị m okenye arụrụala.

OBIDIYA: Ewekwala iwe. Okwukwe nke m kwere kwegburu onwe m abụghị ezigbo okwukwe.

ONYE NWE ALA: Ị gaghị ekwegburu onwe gị. Lee m anya n'ihu. Adị m gị ka agbakuru nwoke aghọ nwanyị?

OBIDIYA: Ama m na ị bughị. Nwata gbere egbere gba m, mụ egbere egbere gbagwara ya.

ONYE NWE ALA: Agbagwarala, ezigbo nwa m. Mgbagwara na-aga ihu na azụ. Asi m gị hapụrụ Ọbasi dị n'elu ihe nile. Egbe nke ya na-ada ụda; nti nụrụ ya na-ekwere.

OBIDIYA: Ewekwala iwe. Okwukwe nke ahụ m kwere kwegburu onwe m, abụghị ezigbo okwukwe.

ONYE NWE ALA: Ị gaghị ekwegburu onwe gị.

OBIDIYA: Agaghị m ekwe. Ya bụrụ mmehie, ka anyi mee ya otu mgbe. Ụbọchị ikpe anyị nile apụta ikpe n'ihu Chineke zaa ajụjụ. Ya bụrụ mkpọrọ ka ọ tụa anyị nile otu mgbe.

ONYE NWE ALA: I kwutakwara ya. Mana ọ bụghị ihe akụ ilu na-ada na ntị ka ọ na-atọ n'ọnụ. Ihe e ji edula iwe na-aka iwe.

OBIDIYA: Ya karịa. Anọ m eme gịnị? Nne adịghị, nna adịghi? Anọ m eme gịnị? Nke m agwụla. Ihe m na-eche ugbu a bụ Dede Ọnwu.

ONYE NWE ALA: O nwere ihe ị na-eme. Chineke onye dowere gị ebe a abụghị onye ewu. Mgbe ị na-akpọ ọnwụ oku, ọ naghị aza. Hapụrụ ndị uwe ojii na Chineke ikpe ọbụla di ebe ahụ. Kasie obi.

OBIDIYA: Anụla m. Nye m ohere ka m laruo ụlọ. A naghị amụ nwa gụọ ya aha otu mgbe ahụ.

ONYE NWE ALA: Ezi nwanyi. I kwuola nke ntị na-anụ anụ. E ji obi abụọ aga ili ozu onye nwụrụ anwụ.

OBIDIYA: Ka m laruo ụlọ.

ONYE NWE ALA: Unu laruo. Onye ụlọ ya tara ọku anaghị anwụdo oke.

[*Ha nile apụọ*]

ONYE NWE ALA: Onye ma nke nwanyị a ga-eme ma ya laruo ụlọ? Ụfọdụ ụmụ nwanyị anaghị ete mmanya a na-edetu ọnụ. Ihe onye metara dị ya n'isi. E kwuela m nke m ma. A naghị egbochi onye isi ada. Mu duru onye isi ruo ebe ọ ga-ama ụzọ, mụ arapụ ya. Oge ọkụ ruru ite, ọ ga-eru ihe dị ya n'ime. Chineke lee aka m abụọ; ekwuela m nke m ma.



OBIDIYA: Ejeela m hụ ya. Nke ahu bụ imezụ iwụ. Ana m aga ọzọ ihụ ya maka gini? Ekpebiele m ihe m ga-eme. O nweghị onye ga-egbochi m. Ka m chọta isi ya. Nwa kemkem na-aga, nwa hemhem na-eso ya. Egede esirile.

KỌTỊN

## USORO NKE ABUỌ

*[N'ulọ Akakaka, n'ebe ọ na-agba aja. O debere efere mmiri n'ihu ya, were ata-mmiri kwọrọ mụrụmụrụ debe gburugburu efere ahu; ya onwe ya nọ n'elu ute. O ji obere enyo n'aka ekpe na-abu abụ n'ime ọnụ. Obidiya we bata.]*

OBIDIYA: [*Kụwa aka n'ụzọ*] Onye nwe ulọ ị nọkwa ya?

AKAKAKA: Bata, nne m. Ndewo, Obidiya.

OBIDIYA: Onye gwara gị aha m?

AKAKAKA: O nweghị onye gwara m. Gịnị ka m na-alụ ebe a, ọ bụrụ na enweghi m ike ị ma aha ndị mmadụ?

OBIDIYA: Nke gi a kpụ ọkụ n'ọnụ.

AKAKAKA: Ọ bu aka ọlụ m. A lụala m ọlụ a ihe dị ka afọ iri anọ. Ebidole m lụwa ọlụ a tụpụ nne amụọ gị.

OBIDIYA: Jisie ike.

AKAKAKA: A na m alụzi gịnị karịa ịnọ ebe a na-agwa uwa otu o si dabanyere onye ọ bula. Nke a i ji bịa dị mfe.

OBIDIYA: Ịhụla ihe m jiri bịa?

AKAKAKA: Ana m alụ gịnị ebe a?

OBIDIYA: Gịnị kpatara m ji bia?

AKAKAKA: Ebelebe egbuela. Uwa nke a, tufịa kwa. Tufịaaa!



OBIDIYA: Ọ bụ gịnị?

AKAKAKA: Mmadụ ọ na-anọ n'ulo ya nọpia akpa-amụ ya?

OBIDIYA: Lechaa. Lee nụ. Lewa nna m.

AKAKAKA: Ndi mmụọ m sị ka idowe kọbọ asaa.

OBIDIYA: [*Obidiya atọpee akwa ya wepụta kọbọ asaa n'isi akwa*]

AKAKAKA: Dowe ya n'ala, ka m gwa gị nke mere.

OBIDIYA: Ọ bụ ihe kpatara ije m.

AKAKAKA: Ahụrụ m ozu n'ihụ aja m.

OBIDIYA: Ozu gini?

AKAKAKA: Ọ bụghi ozu ọkụkọ. Ọ bụghị ozu anụ ọhia. [*O kusịa*]. Nne, ọ bụ ozu mmadụ.

OBIDIYA: Mmadụ dị añaa?

AKAKAKA: Ozu nwa okorọbịa. Ozu di gị. Di gị!

OBIDIYA: Di m?

AKAKAKA: Di gị. Ị na-esi m agụgọ?

OBIDIYA: Anaghị m esi gi agụgọ. Gini gbụrụ ya?

AKAKAKA: Ezi ajụjụ. Ọ bụghị nke ndi iberibe na-abịa ebe a na-ajụ ajụjụ na-enweghị isi na ọdụ. [*O were mmanya tinye n'iko wụpuru ndi ichie na ndi mmụọ sị*] Ọbasi nna m, Okpa-raku, Ajamaja, Tolofari, Ikine, Iyieke, unu ñua mmanya. Meghere m uzọ. Mee ka unu si eme. Ndi osu na-enweghị onye na-enye ha mmanya wekwara nụ n'aka ekpe ñua. [*Ọ tụpụ mmanya ọzọ*] Chineke kere mgbọ-rọgwụ, elu na ala, tuwe m ugo taa. Amaghị m ebe nwanyi si bịa kama ọ bụ aha unu bụtere ya. Ka o rue gwa ndi ọzọ. Ọ nụrụ bia. Ọ nụrụ gwa ibe. [*Ọ kwụsị*] Nne,

ọ dịghị nkịta tagbụrụ di gi. Ọ dighi anụ ọhia tagbụrụ ya, ọ nwụrụ ọnwụ ike. O rụbeghị izu uka ọ nwụrụ.

**OBIDIYA:** Ọ rubeghị.

**AKAKAKA:** Ị ga-achọ ka ọ gwa gị ihe gburu ya?

**OBIDIYA:** Onye ga-agwa m?

**AKAKAKA:** Di gị.

**OBIDIYA:** Ọ bụrụ na onye nwụrụ anwụ nwere ike ime otu ahu, okwu ka mma n'ọnụ onye ihe mere.

**AKAKAKA:** Nne, mmadụ atọ batara n'ulọ unu gbuo di gị.

**OBIDIYA:** Mmadụ atọ.

**AKAKAKA:** Atọ! atọ! atọ! Di gị sị na ha dị atọ.

**OBIDIYA:** Bịko, o mere gịnị?

**AKAKAKA:** O nweghị ihe o mere.

**OBIDIYA:** A na-egbu mmadu na-anụghị ya okwu n'ọnụ?

**AKAKAKA:** Dowe ego asaa n'ala. I mee nke a, di gi ga-eji ọnụ ya kọọ ihe dị ebe ahụ. [*Ọbidiya we debe ego asaa. Akakaka we wụpụ mmanya.*] Ikine, Tolofari, Adụm, Tamunọ-paka gboo. Imbre Ọnụma, ngwania. Gboo. Mianga gboo. [*Ọtugharịa anya lee Obidiya*]. Nne nwanyi, ghụchaa ntị gi nke ọma. O ruele. Nuru olu di gi ugbu a.

**OLU:** Obidiya. O—bi—diya a.

**OBIDIYA:** Onye na-akpọ m oku. Ọ bụ Ọnụma?

**OLU:** Ọ bụ m Ọnụma.

**OBIDIYA:** Ọnuma!



**OLU:** Eee!
[*Obidiya malite bewa akwa*].

**AKAKAKA:** Taaaa! hichaa anya mmiri. A naghi ebe akwa ebe a. Nwanyi chọrọ ihu mmuọ, ga-atachi obi. Ndi nwụrụ anwụ anaghi anọ ebe a na-ebe akwa.

**OBIDIYA:** Ehichaala m anya. Ehichaala m.

**AKAKAKA:** Ọ bụ ije ụwa. Adịkata adịgharia.

**OBIDIYA:** Kpọnụ ya ọzọ.

**AKAKAKA:** I mechiela ọnụ?

**OBIDIYA:** Emechiela m.

**OLU:** O—bi—diya. Ndewo. Gị na ahụ.

**OBIDIYA:** Anọ m ya. Ọ gini kpatara ọnwụ gi?

**OLU:** Mmadụ mere m.

**OBIDIYA:** Onye mere gi?

**OLU:** Ndị mmadụ.

**OBIDIYA:** Ndị mmadụ ha enweghị aha?

**OLU:** Ha dị mmadụ atọ.

**OBIDIYA:** I mekwara ha gịnị?

**OLU:** Nsi na-egbu n'ogu; aja na-egbu n'ogu, o nweghi ihe m mere ha.

**OBIDIYA:** Gịnị bụ iwe ha?

**OLU:** Ha bụ ndị ozi.

**OBIDIYA:** Ndị ozi onye?

**OLU:** Ị ma onye ọ bụ?

**OBIDIYA:** Amaghị m onye ọ bụ.

**OLU:** Onye iro anyị.

**OBIDIYA:** Ya ziri ndị mmadụ?

**OLU:** Ya zirị ndị mmadụ maka okwu ala ahụ.

**AKAKAKA:** Ị na-anakwa ntị nke ọma?

**OBIDIYA:** Akpa m ntị m n'aka m. Ọnụma, agwa-

kwala m asị n'ihi na aga m ewere mkpụrụ okwu nile ikwuru ebe a mee ihe.

OLU: Agwabele m gị okwu asị mbụ? Ọ bụ ya.

OBIDIYA: Ị nọ ebee oge ihe a mere?

OLU: Anọ m n'ulo.

OBIDIYA: N'ime ulọ?

OLU: Ha batara n'ulọ oge ahu i nọ n'ahịa ka m na-abọ isi, oge m sachara ahụ, kechie m ọnụ, kujie m olu.

OBIDIYA: Kechie gi onu, kujie gị olu. Jei! jei! Biko hapụ m ka m bee nwa ntịtị akwa... Ewo!

AKAKAKA: Ebekwala! Mmiri si gị n'anya tapụ ọ lala.

OBIDIYA: Ịsị m mechie ọnụ?

AKAKAKA: Fachie ọnụ, mụ anwụọ.

OBIDIYA: Ha mezia ginị?

OLU: Ha buru okpokoro m jee Okolo-Akpala lie n'ime apịtị.

AKAKAKA: I ma ebe ọ bụ?

OBIDIYA: Ama m Okolo-Akpala.

OLU: N'akụkụ otu osisi ụgba dị n'agiga mmiri.

OBIDIYA: Ha liri gị n'akụkụ mmiri.

OLU: N'ime apịtị. E gwutu ala ntịị, a ga-ahu isi m. Iwe juru m obi. Ha jidere m na mberede. Mberede nyịrị dike. Enweghị m ozuzu ike. Ana m erugharị erugharị.

OBIDIYA: Gịnị kpatara?

OLU: Ekpebeghị ikpe. Aga m enwe izu ike. Jee n'akuku ụkwụ oroma ahụ di n'azụ ulọ anyi, i ga-ahụ Nari naịra m tinyere n'iko



lie ya n'ala. Jekuru Isiukwu Ọlanti, gwa ya nye gị naịra iri m nyere ya dowere m. Atụla egwu.

AKAKAKA: Ị na-anụ?

OBIDIYA: Eji m ntị.

AKAKAKA: Ọ na-ekwu okwu ka nwoke.

OBIDIYA: Olee aha ndị mere ihe a?

OLU: Rapụ aha. Mee ihe m gwara gị. A jụkwala ajụjụ ọzọ. Oge m ezue.

[*Olu Alaa.*]

AKAKAKA: I nụla ihe nile o kwuru. Ọ dị gị n'aka ugbu a.

OBIDIYA: Isi nkụ abuọ chaara onye akpụka mma, ebelebe egbue. Onye ihe mesiri ike ji ụkwụ arị ọjị. Onye ka ụdị a mebere? Abụ m nwanyị n'ezie, ma aga m egosi ya na ụmụ nwanyi abụghị otu.

AKAKAKA: Nwoke ahụ bụ ajọ mmadụ. Gbuo mmadụ ibe ya na-enweghị isi. Ubum kwa!! Ọ bụrụ na-i chọrọ ka di gi fue dị ka nwa ọkukọ, ghara lawa. Ụdị a enweghi ike ime nwanyị ulọ anyi. Pichie anya megwara. Tachie obi megwara. Ubọchi ikpe anyi nile guzo otu mgbe. Anyi na-alụ mma na njọ. Ọ di nke i chọrọ gwa m.

OBIDIYA: I na-ajụ m nke m chọrọ? I ma ihe dị m n'obi.

AKAKAKA: Amaghị m. Obi dị ka akpa, onye ọ bula nya nke ya.

OBIDIYA: Ama m. Mechiere m ezi na ulọ onye ahụ ziri ndị mmadụ ka ha gbuo di m. Mechie ya kpamkpam. Ọ nụrụkụchie-ntị.

AKAKAKA: Ikwuọla okwu dị ka nwanyị hụrụ di ya n'anya. Agam alụrụ gi ọlụ dị ebe ahụ. Ọ ga-efu gị nwantịtị ego.

OBIDIYA: Nsogbu adịghị ya. Ọnwu raa ahụ anwụọ ya ụbọchi Eke. Ma mụ akwụghị ụgwọ, gị akpọrọ m ka m gbara gị odibo.

AKAKAKA: Ọ gaghị eru ụdị ahụ. Ka anyị kwuzie okwu. Ị ga-ebu ụzọ kwụa m ego ịgba aja, naịra atọ.

OBIDIYA: Naịra ole?

AKAKAKA: Naịra atọ. O buru ibu?

OBIDIYA: Aja ọ pụọla na kọbọ iri asaa?

AKAKAKA: Ị maghị? Ndị mmadụ etinyesiala ego n'ihe nile n'ahia, ndị mmụọ ekwere otu ahụ tinyekwa nke ha. Ị chọrọ ka agụụ gụgbue ndị mmụọ na ndị na-agba aja?

OBIDIYA: Achọghị m. Kama nke a dị ukwuu.

AKAKAKA: Ọ dighị. Lee dị. Ihe anyi na-azu kọbọ atọ ụnyahụ na-ada kọbọ iri taa.

OBIDIYA: Nna m, ọ gwụrụ ike. Ndị mmadụ egbuela ibe ha. Ka m nye gi otu naịra

AKAKAKA: Ọdi m ka unu na-akpọ ya Naina. Mebichaa aha ọma ndị bẹkee nyere ego. Ọkukọ eghechala ma ọfọdụrụ n'olu. Ị ga-enye m Naina atọ. O nweghị mwepụ o nweghi ntinye.

OBIDIYA: Ọ ghọọla ahịa shọp?

AKAKAKA: Ọ bụ ahịa isam. Kama aga-ewepụ ewepụ,



etinye-etinye. Were ihe m gwara gi. Nke a bụ ụtụtụ. Anyi bido mpịrịmpị ahịa n'isi ụtụtụ a, njọ ahịa dị n iru.

[*Obidiya enye ego*]

AKAKAKA: Ọ dịla mma. Nke a agaala. Maka okwu i bu n'uche: weta otu ọkụkọ ọcha.

OBIDIYA: Ọkụkọ ọcha.

AKAKAKA: Na mbe. Mbe-nwa-aliliiga. Mmanya mbụ na mmanya abụọ. [*O chee echiche*] Na egbe. Ozuọla.

OBIDIYA: Ebee ka m ga-enweta nsi egbe na mbe?

AKAKAKA: I weta ego, agamenye gi nke m nwere.

OBIDIYA: Ọ pụtara ego ole?

AKAKAKA: Naịra abụọ.

OBIDIYA: Ihe gi nile na-ada naịra naịra, Ọ dịkwa nke kọbọ na-adị ya?

AKAKAKA: Ọ dị nke m mere, nne m? Ike a gwụla kọbọ; naịra naịra na-azụ zi ahịa. N'ihi ọ bu gi, ka m were ha nye gi na naịra atọ na kọbọ iri atọ. Ọ dịla gi mma?

OBIDIYA: Ahịa ọnyido. M ga-eme ọlịa? Onye ụwa ya butere ụkatara mmanya, ọ ga-ebulara ya onye?

AKAKAKA: Ọ bu ka o si adị mgbe a na-aga aga. [*Obidiya enye ya ego.*]

OBIDIYA: Ego a nile m na-enye hụ kwa na ime chiri ezi na ulọ ahụ.

AKAKAKA: Ọ pụala nwa egbe n'isi ọ ka-adị nwa ugo n'aka. Ọ bụrụ na ọ bụ nkume, aga m

etipịa ya. [*Akakaka a gaa azụ ụlọ, weta ọkụkọ ọcha nye ya.*] Jide ya. Kwe nkwa n'iru ndị mmụọ m na ọ bụrụ na emechie ụlọ ya, ndi mmụọ nwe akụ ya nile, na iga-enye ewu na otu ukwu akwa.

OBIDIYA: Ọzọ kwa?

AKAKAKA: Ị ga-agba ndị mmụọ aka?

OBIDIYA: Ndị mmụọ richaa ezi na ụlọ Oriakụ, ha si na nke ahụ agaghị e zuru ha?

AKAKAKA: Ọ naghị-ezu. Gi kpọrọ ha, gị ga-edula ha. Onye dọrọ mmiri ga-achụ mmiri ọ dọrọ.

OBIDIYA: Agbara, ọ bụrụ na unu emechimaa kpamkpam ezi na ụlọ onye ahụ ziri ndị mmadụ ka ha gbuo di m, unu were akụ ya nile, m ga-eji kwa mgbụdụ akwa na ewu kelee unu.

AKAKAKA: O zuela. Ndewo. [Ọ dọbie olu ọkụkọ, tupu.] Lawa. N̄aa ntị, ị ganụ ka oke osisi gbajiri n'oke ọhịa. Nye m abalị asatọ.
[*Obidiya apụọ.*]

AKAKAKA: Kedụ ka otu onye ga-esi nwe ụwa nile? Ị jee ebe a ọ nọ ya, i jee ebe ọzọ ọ nọ ya. Ọ gịnị? Ụwa nile ga-esi ọlịa si n'okpuru ụkwụ otu onye gafee? Gịnị mere ihe ụwa adịghị eju ndị mmadụ afọ? Olee mgbe ndị mmadụ ga-ama na uwa bụ onye nọjuru ọ laa?
Ọkpakụ na-amụta Oriakụ. Ebe ihe mere echi enweghi ike izi anyị izu taa, onye



metere nke o metere, ihe o metere agbaa ya ụgwọ. Iwu bụ na m ga-alụrụ nwanyị a ihe ọ chọrọ. Ọ ghọọla nsịkọ gwuru mmiri ukwu gwuo mmiri nta bịa chagharịa n'ite ofe nwanyị. Aga m akpọta ndi nsi ka ha mee ya ezigbo nsi ga-eme ka ọ zachie ụlọ. Ihe nile zara aza bụ agbara gburu. Olee ka m ga-esi hụ ndị enyi m?
[*Ọ kọwa ọkọ n'isi.*]
[OGBUU *na ndị otu ya abata.*]

OGBUU: Dimkpa Agụ, ọlịa?

AKAKAKA: Ọ dị mma, Diala.

OMEIFE: Odogwu, Aka Dike.

AKAKAKA: Mma mma Eze, Ndewonụ. Werenụ oche. Ekwenyere m na onye a kpọrọ oku ma ọ bụ kpụrụ ya n'ọnụ, ana-ahụghị bụ mmụọ. Okwu banyere unu ka m kpụ n'ọnụ. Kedụ maka Diọgụ.

OGBUU: Ọ nọ n'ọrịa.

AKAKAKA: Olee mgbe o bidoro ya?

OGBUU: O ruola abalị abụọ.

AKAKAKA: Ọ ga-abụ oke ọlụ na-eme ya.

OMEIFE: Onye sị ka ya lukọta ihe nile dị n'uwa, nsogbu adị.

AKAKAKA: Nnọọ nụ.

HA ABỤỌ: Ooo!

AKAKAKA: Ka m weta ọjị.

OGBUU: Ọ bụ omenala Igbo.

OMEIFE: Mee ka i si eme.
[*Ọ jee iweta ọjị.*]

AKAKAKA: Umunna, ọjị abịa.

OMEIFE: Mma mma. Onye wetara ọjị wetara ndụ. [*A waa ọji.*]

OGBUU: Ewo! Ọjị a gbara ise.

OMEIFE: Ọ bụrụ na ọ gbara ise, ị ma na ihe ọzọ ga-eso ọjị.

OGBUU: Ọjị igba ise bụ ihu ọma. Onye ihe ọma mere umunna na-esoro ya eri.

AKAKAKA: Nsogbu adịghị. Rie mụ erie ọ na-apụ ụka? Ọbịa bịa ka m rijue afọ. Ka anyị ǹuchasịa nke nọ n'elu oche tutu m weta ọzọ.

OMEIFE: Onye biko biko, a na-egbu ya mma n'ọba aka. [*Ha were ọjị n'ibe n'ibe, nye Akakaka aka ọjị ya. Ha ǹua mmanya*]

AKAKAKA: O nwere mkparị nta m chọrọ ka anyị kparịa.

OGBUU: Kwuenu.

AKAKAKA: Ọkọ kọọ anụmanu o jekwuru osisi, Ọ kọọ mmadụ ọ gakwuru ibe. O nwere onye chọrọ enyemaka.

OMEIFE: Nwoke ka ọ bụ nwanyị?

AKAKAKA: Nwanyị.

OGBUU: Gịnị bụ mkpa ya?

AKAKAKA: Okwu a siri ike. Ọ bụ nwanyị ha lachuru di ya n'ike.

OGBUU: Ị ma ebe nwanyi ahụ si?

AKAKAKA: Ọ sị na ya bụ onye Ụmụegbu. [*Omeife na Ogbuu elegharịa onwe ha anya. Ebe nile edere gidim. Ogbuu a taa aka n'eze*].



OGBUU: Ọ chọrọ ka i mere ya gịnị?

AKAKAKA: Ị manụ ka iwe ụmụ nwanyị si adị.

OGBUU: Mmegwara.

AKAKAKA: Ụwa gbaa gị egbe ma ị gbagwaraghị, ị bụrụ onye nzuzu.

OGBUU: Odudu a bere na njọ.

OMEIFE: Olee nke bụ njọ?

OGBUU: I hụghị otu imi dị ụsụ?

OMEIFE: Ọbụ m tere ezi mmanụ?

OGBUU: Ihe chi bọrọ e were ya otu ahụ.

OMEIFE: Okwu dịrị n'olu ndị eze.

AKAKAKA: Ọdị m ka m nọ nime mmiri ncha a baa m anya.

OGBUU: Orubeghị ụdị ahụ.

AKAKAKA: Efopụ nwa nkịta akpị n'ahụ ma ezighị ya n'ihu ọ dị ka a tụrụ ya mbọ.

OMEIFE: Ọ dighị onye ga-atụ gị mbọ.

AKAKAKA: Ọ na-ememe?

OGBUU: Ebe ọ chọrọ mmegwara, gịnị bụ uche gi ugbu a?

AKAKAKA: Onye bupụtara akịrịka n'ama chọrọ ka umunna tinyere ya aka kpaa ya.

OMEIFE: Eziokwu bụ ndụ.

AKAKAKA: Achọrọ m ka anyi lụkọta ọlu ka anyị si alụ.

OGBUU: Olee ebe a ga-alu ọlụ a?

AKAKAKA: Be Oriaku.

OMEIFE: Ị jutakwara nke ọma?

AKAKAKA: E leruru m anya ala.

OGBUU: Olee uzọ i si chọọ ka alụa ọlụ a?

AKAKAKA: E were egbe na mma gbaa ulọ Dike gburugburu, mpụta a bụrụ ikpe.

OMEIFE: Olee ụdi egbe na mma ichọrọ?

AKAKAKA: Achọrọ m ka agbara na nsi lụkọta ọlụ. Ma agbara egbughi, nsi egbue, ọ bụ otu ọnwụ ahụ.

OGBUU: Ị chọrọ ka anyị were nsi?

AKAKAKA: Nke ọma ya. Ogbu n'orie.

OMEIFE: Hapụ udi nke ọ ga-abụ. Anyi kwuzie okwu, nke fọdụrụ bụ nke anyị.

AKAKAKA: Ama m. A kọziere dibia otu orịa dị ọ mara ụdị ọgwụ ọ ga-enye onye ọrịa. Achọrọ m ka ndi mmadụ mata na ekwensu nwere ikike buru ibụ.

OGBUU: Ha ma nke ọma. Kama ndi mmadụ na-anwa ekwensu.

AKAKAKA: Enyere m nwanyị ahụ abali anọ. Achọrọ m ka nke ga-eme mesịaa tutu oge ahụ erue.

OMEIFE: Ọ dị mfe. Ị ga-enye anyị ginị?

AKAKAKA: Agbata-ekee.
[*Ha bulie anya elu.*]

OGBUU: Otu a dị mma

AKAKAKA: Ọ bụghị okwu nile ka ana-abụ dị ka abụ. Ihe si n'ụlọ ọnwụ ka a ga-eji mezie ọnwụ. Okwu ite anaghị aka ite. Onye mbetụrụ akwa anaghị a si, 'ọnuma ekeela m obi.'

OMEIFE: Enyi, okwu nọdu n'olu ndị eze.

OGBUU: Ya dirị.

AKAKAKA: Okwu m bụ na a ga-eji asụ si na'afọ-ọnụ lọọ afọ-ọnu.



OGBUU: Ekwere m. Ka abụba ọkụkọ nọkwaa n'ikpere.

AKAKAKA: Ya nọkwaa.

OMEIFE: Ị sị ya dirị otu ahụ?

AKAKAKA: Ya dirị. Onye mkpata akpatachaghi, onye nricha erichalighi. Ụwa bụ egwu nkịta na ibe ya. Onye daara ibe ya, ibe a daara ya.

OGBUU: Okwu dirị n'olu ndị eze.

AKAKAKA: Lezienụ anya nke ọma. Oriakụ abụghị anụ ana-ekechi na nkịkara akwa. Ọ bughị anụ ana-agba otu ọnu egbe. Ị gbajọọ ya, ọ ga-eburu anya aju dagbue onye gbara ya egbe, kulie laa.

OMEIFE: Ọ bụ mgba nwoke na ibe ya. Ọ bụghị ole mgbe i bidoro kama ka onye si agba.

OGBUU: O merie anyi m'were udọ kwụgbuo onwe m.

AKAKAKA: Otu a ka dimkpa si ekwu okwu. Otụ onye siere ọha, ọha ga-erisi, rasịa efere; ma ọha siere otu onye, ọ gaghị erisi, ya risịa, afọ etibaa ya.

OMEIFE: Nrisi ya na ọnwu ya na-eso.

AKAKAKA: Anyị ga-eme nwa ọmenala fọdụrụ.

OGBUU: Ịdụ isi.

AKAKAKA: Ịkpa ọfọ na ogu aka.

OMEIFE: Onye kpara ọfọ na ogu aka ọ dubeghị isi?

OGBUU: Onye turu aka na nsi, a raala ya.

AKAKAKA: Nke a bughị nsi.

OMEIFE: Anyị ma. Ọ bụ uka, bukwara ilu

OGBUU: Ị chọrọnụ ka anyị sutu ọfọ ọnụ?

| | |
|---|---|
| AKAKAKA: | Ụzọ i si ekwu ya adichaghị mma. |
| OMEIFE: | Hapụ nke ahụ. Ihe tiri pịị anwuọla. Weta ọfọ na ogu ka anyi mee omenala. |
| AKAKAKA: | Ka m wepụta? |
| HA ABỤỌ: | Wepụta. |
| | [*O buputa ọfọ na ogu. Ha atọ ebitu ya aka; o wepụ ya.*] |
| OGBUU: | O nwere ihe nwanyi ahu ga-eme? |
| AKAKAKA: | Agwala m ya weta nwa mkpi gbara abụba |
| OMEIFE: | Nke eji agwa aka? |
| AKAKAKA: | Eee! |
| OGBUU: | Ọdị m ka okwu anyị akwụrụla? |
| AKAKAKA: | Amaghị m ihe ọzọ ji ya? |
| OMEIFE: | Anyi ga-akwọpụ ụgbọ. |
| AKAKAKA: | Ngwanụ. |
| HA ABỤỌ: | Ka e mesịa. |
| AKAKAKA: | Ije ọma. |
| ỤMỤ NNADI: | Elu ụwa nke a bụ ginị? |

Mmadụ bụkwa ginị?
Ọ bụ n'ezie na mmụọ Chukwu
Dị n'ime mmadụ o kere,
Ma lee, mmadụ na-eje ije
Dị ka onye isi n'elu ụwa.
Ọ na-akpọ ụkwụ n'agiga nkụme
Daa ada merụsịa ahụ.
Site n'iberibe ya ọ na-eweta ụdọ
O ji eke onwe ya agbụ
Ọ bụna oge mmụọ Chukwu dị ya n'ime
Na-agwa ya ihe banyere ndụ ya.
Mmadụ na-añụrị ọñụ banyere echi



Ma oge anyị nọ n'etiti ọñụ
Ka ikuku ọnwụ na-abịa anyị nso.
Na ị ga-anwụ Oriakụ Dike,
Elu igwe edeela ya n'akwụkwọ.
Ọ bụ unu, ụmụ, ụmụ ndị a
Na-adịghị nke ha metara
Ka ebere ha na-emere m.
Unu dị ka ụmụ Adam ahụ
Ndị na-edetgụhị mkpụrụ osisi ahụ ọnụ
Ma ha soro nna nna ha ñụa mmiri
Si n'iyi nke mmehie sọpụta.
Ọ bụrụ na-asị ka ihe
Onye metara soo nanị ya
Obi agaghị alọ anyị mmiri.
Ma ọ bụ ihe nwuta nke ukwu
Na nkịta rachaa nsị,
Eze eree ewu.
Mmadụ, o nwere ịke i gbanwe iwu Chukwu? Akwa anyị dịka ọgwụ enyere Onye nwụrụ anwụ, na-enweghị ọlụ ọ na-alụ.
Ma, biko, Nna, metụ ebere.
Eletala ezi a dịka Sọdọm.
Kwee ka otu mkpụrụ pụta.
Ka otu pụta.
[*Ha apụọ.*]

## USORO NKE ATỌ

*[N'ụlọ Ọriakụ. Ọ nọdụrụ n'oche dị ka eze.]*

ORIAKỤ: Nwata tụlie nna ya elu ọgọdọ awụchie ya anya. A mụbeghi onye ahụ ga-atụm n'ala. Amara m ihe ndị mmadụ na-ekwu. O nweghị ihe nwanyị ya ga-eme. Nke a ga-ezi ụmụ okorọbịa ihe, ka ha kpachara anya.
Ihe nile ebighị n'ụlọ ikpe. Bekee kpechaa mmadụ ekpegharịa. Nwa anụmanụ, ya si ebe ahụ bịa dọọ ala. Dam ful. Ọ na-awa anya oke. Gogo! Gogo! Gịnị ga-eme? Ekwueme. Akwa eke. Akpa aka nne ya abịa.

GOGO: Ị kpọrọ m oku, nna anyị?

ORIAKỤ: Ezi nwa m, akpọrọ m gị. Butere m kara ma whisky na soda water. Ọnụ jupụtara m obi taa.

GOGO: *[Na-ekwuru onwe ya mgbe ọ na-apụ]* Nwoke ọjọọ. Ị na-aṅụrị ọnụ na-igburu ọchụ. I chere na Chineke ahụghị gị?

*[O weta ihe ndịa dobe ha n'iru ya.]*

ORIAKỤ: Ndewo, nna. Ọ dị m ka iru gị gbagọrọ agbagọ.

GOGO: O nweghị ihe na-eme m.

ORIAKỤ: I chetakwara na ndị ọbịa ga-abịa taa?

GOGO: Anụrụ m ya n'ọnụ nwanyị gị.



ORIAKỤ: Ọ dịghi njọ. Ebe i nanụla n'ọnụ ya. Edozikwara ihe nile nke ọma?

GOGO: Ihe ọ bụla ewerela ọnọdụ ya.

ORIAKỤ: Ọ dị mma. Ọ ga-abụ ilewa anya n'ụzọ.

GOGO: Aga m eme otu ahụ.
*[Ọ pụa.]*

ORIAKỤ: Ka m ṅụjue mmanya afọ taa. Taa bụ ụbọchị ukwu na ndụ m. Ụmụ ihe nile na-enye m nsogbu, na-akpasu m iwe, na-akpali m-mụọ m, enyela ohere. Obi rue dike ala, ya nwee ike megharịa ahụ. Emezuela m ka dimkpa si eme, ihe fọdụrụ bụ ọnwụ. A sị ka mmadụ nile dị n'obodo a mee ka m si mee obodo anyị ga-adị ka ala eze. Alụọla m isi ụmụ nwanyi anọ, enwere m ezigbo ego na bank, Chima, nwa mbụ m, na-amụ dọkịta n'ala bekee. Ngọzi bụ nwanyị mbụ jere kọlej n'ala a. Ndị ọzọ nọ na kọlej ọzọ dị iche iche. Ọ bụrụ na mmamịrị araghị ahụ, ka ọkụkọ nyụọ ya?

GOGO: Nna anyị, anụrụ m olu ndị egwu n'ama.

ORIAKỤ: Ọ dị mma. Ọbịa anaghị aka onye nwe ụlọ. Ka ha na-abịa.

*[Ndị egwu, umu nwoke na ụmụ nwanyị yii uwe ocha gbaa akwa jiọjị abata. Ha na-agba egwu si na aka ekpe gaa aka nri. Ndị egwu ga-anọ n'azụ. Mgbe ha nọdụsịrị ala, Oriakụ ebilie].*

ORIAKỤ: Ikwu na ibe mma mmanụ!
HA NILE: I yaah!
ORIAKỤ: Ikwu na ibe mma mmanụ!
HA NILE: I yaah!
ORIAKỤ: Rienụ!
HA NILE: I yaah!
ORIAKỤ: N̄ụanụ!
HA NILE: I yaah!

[*Ndị eze na-achị ala abata, kele ndị egwu n'otu n'otu. Oge ha nọdụsịrị ala, egwu akwụsị, Oriakụ were ọjị nye Onye nwe ala*].

ONYE NWE ALA: Ụmụegbu kwenụ!
HA NILE: I yaah!
ONYE NWE ALA: Oji-isi-ekwe-ọgụ, kwenụ!
HA NILE: I yaah!
ONYE NWE ALA: Ọgara-mba-mee-mba kwenụ!
HA NILE: I yaah!
ONYE NWE ALA: N̄ụanụ!
HA NILE: I yaah!
ONYE NWE ALA: Nwanne anyị nwoke enyela anyị mkpụrụ osisi na-agba ndụ. Anyi kelere ya nke ukwuu. Ka chị gọzie ya. Ka m kwụsị ebe a; ugbua bụ ụtụtụ.

[*Awaa ọji, kee ọjị, n̄ụa mmanya. Ndị a gbu-ru ọchụ abata. Ha yiri uwe dị ka ndi ọzọ.*]

OGBUU: Kwenụ!
HA NILE: I yaah!



OMEIFE: Mma mmanụ!
HA NILE: I yaah!

[*Ha je ebe Oriakụ nọ, kelee ya iche, kwee ya n'aka, tugharịa were oche*].

ONYE NWE ALA: Anyị awaala ọji, bụ ihe eji ama anyị. Mma mma, ezigbo nwa amara aha ya, Nanị onye iberibe sị na nwanne ya abụghị ọbịa. Ụmụnna bụ ibu. [*Ọ kwaa ụkwara*] Ị ga na-eche ihe kpatara ije anyị. Eleghị anya i nụla kepụ-kepụ banyere ya. Azụ anụghị ụka. Taa anyi bịara ịgwa gi ihe nile a na-ekwu gị n'azụ. Ikwu na ibe, ọ bụghị otu a?
HA NILE: Ọ bụ ya.
ONYE NWE ALA: Ọ bụ otu a. [*Ozue ikẹ.*] Anyị abụghị ọkụkọ na-amaghị onye foro ya abụba n'ụdụ-mmiri. Emezie nwa dibia, ya tinye aka na nsi. Nwa mmụọ kpachara isi gbajie mbọ, ọ si na isi agaghi erukwa ya ọzọ?
HA NILE: Gịnị mere?
ONYE NWE ALA: Mma mma bụ ugwu, anaghị ata ya ata.
HA NILE: Ezi ụka.
ONYE NWE ALA: Anyị anaghị ẹchefu onye foro anyị ọdụ n'udu mmiri. Aka nri kwọọ aka ekpe, aka ekpe akwọọ aka nri. Ọ na-ewuta anyị na anyị ejighi ncha buru ibu iji saa gị ahụ. Ndị nwe m, mmadụ ọ na-ajụ ihe mgwọ ya gbatara?
HA NILE: Mbaa!

ONYE NWE ALA: Nwa anaghị ajụ nri nne ya siri. Ya jọọ njọ elu, jọọ njọ ala, ọ ga-eriri ya.

HA NILE: [*Ha kwee n'isi*]

ONYE NWE ALA: I jerue ime obi anyị iga-ebute ọkpụrụkpụ nnu. Obodo ọ bụla nwere ihe ha ji anya isi. Ọfọ na ogu anyị dị anyị mkpa ka nwa dị ụmụ nwanyị mkpa n'usekwu. Ọfọ ndị nnanna anyị nyere anyị. Onye ala mebiri n'aka ya, Chi ya kpọrọ ya ụgwọ. Unu ahụla ihe ndị iro mere anyị, buru ike anyị laa, tọgbọ ala n'efu. Uchi dị iche iche echiela. Anyị emeela elu mee ala inweta ike ala, ma ihe nile dị ka mmiri a wụrụ ọkụkọ bekee n'azụ. Taa, ndụ ọdi-ndụ-onwụ-ka-mma alala. Ọ laala. Ikwụ na ibe, unụ si na ọ labeghị?

HA NILE: Ọ laala.

ONYE NWE ALA: Ezi nwa-zuru-ọha, ọ bụ gi tụtere nna gị abụba ugo. Ọ bụ gi kpọlatara obi nna furu efu, Ndewo! Anyi ji gị ụgwọ. Ụgwọ nna ji nwa anaghị apụ uka. E jighị ya aga ulọ ikpe. Ụkwụ nne ọkụkọ zọrọ nwa ya alachughị ya. Ụmụnna, aga m eme ka unụ si kwue.

HA NILE: Mee!

ONYE NWE ALA: Ogbuka, Dimkpa, Bịa nso. Bịa nara nsọpụrụ nke ruwere gị. Onye ube ruru, ya rachaa. A naghi emere ya mmadụ nile. Bịa nso.

[*Oriakụ apụta, ekpukwasi ya okpu n'isi, tuwe ya abụba ugo, gbaa ya akwa*



*jiọji, nye ya mkpara (mkpanaka), Ọha na eze akụa aka, kụa kwa nkwa.*]

ONYE NWE ALA: Anyị echiela gị ọzọ taa. Obi eruela anyị ala. Anyị achụala aja nye ndị ichie maka ọfọ na ogu. Nke fọdụrụ fọdụrụ anyị. Ufọ ji fọọ, ufọ ala a fọọ. Ya ha oke a taa. Egwu gawa.

MMADỤ NILE: A malite ịgba egwu. Mgbe Oriakụ na-agba egwu, OGBUU bilie mee dị ka ọ na-eto ya, were akịsị ocha hichaa ya iru, fekwa ya n'azụ. Oriri na ọnụnụ ebe nile. Ndị mmadụ na-agaghari kpororom-hịararam na-akparịta ụka.

ORIAKỤ: Chụa! Chụa! Chụa! mma mmanụ!

HA NILE: I yaah!

ORIAKỤ: Ikwu na ibe mma mmanụ!

HA NILE: I yaah.

ORIAKỤ: Ụmụegbu, mma mmanụ!

HA NILE: I yaah!

ORIAKỤ: Mma mmanụ!

HA NILE: I yaah!

ORIAKỤ: E nye nwata nnukwu oke, ọ jụwa onye asị ya nyee. Anụ unu nyere m buru ibu Echeghị m na oke ha otu a ruru m. Ana m enye unu nnukwu ekele. Mma mmanụ.

HA NILE: I yaah!

ORIAKỤ: Ihe nile eze nwe ala kwuru abụchaghị ka o siri mee. Otuto nile ndi a eruwaghị m. Obi dị m utọ na-enwere m ohere inyere ndị nwe m aka n'oge mkpa. Ma

nwa agaghị nne na nna mkpa, onye ka ọ ga-aga? Obi dị m ụtọ na m alụala ọlụ dịrị m n'obodo nna m. Ana m ariọkwa Chineke ka onye m ike imekarị nke a n'ihu. Abụba ugo a ga-anọgide rue ọgwụgwụ ndu m. Ndewonụ.

HA NILE: Ndewo!

[*A kụa aka, Chịa ọchị, kụa egwu.*]

ONYE NWE ALA: O zuela! Ahịa ọma na-azụ onwe ya. Ihe ọbụla nwere mmalite na-enweri ọgwụgwu. Echere m na anyi eruela njedebe ememe a. Anyị na-ekele Oriakụ maka nleta ọma o letara anyị. Ka ichie ukwu na ichie nta na Ọbasị dị n'elu mezuere ya nke fọdụrụ. Onye nwe ụlọ, anyị ji gị ugwọ mma mma. Ndewo.

HA NILE: Ndewo.

[*Ndị eze apụa, Oriakụ ekele ha. Ndị egwu agbara egwu n'usoro na-apụ.*]

KOTỊN.

ỤMỤ NNADI: Lee ka elu igwe si ekpughe
Ihe nile nke abalị kpuchiri.
Lee ka ụwa si amata.
Ọlụ nile abalị lụrụ;
Ewo! ụwa nke a.
Anyanwụ adịghị ekpụchi njọ.
Ihe ọjọọ nile ga-apụta ihe.
Mma ga-enweriri ugwọ ya.
Gịnị ka ntị nke a na-anụ?
Gịnị ka ọnụ na-ekwu?



Na-achọpụtala, kpeekwa Ogbuu
Na ndị otu ya ikpe ọchụ. 11/10
Ọbara na-esi isi, na-achụ ụgwa.
Onye akwafula ọbara.
Akwa mmere gịnị erue igwe.
Ugwọ mmere gịnị eruela ala.
Izu ole gara aga ha gburu
Ha gburu Ọnụma, Obidiya
Erie ọnụma, gbọtọrọ n'efu.
Taa, aka ndị ọchịchị akparala ha.
Ụbọchị nile bụ nke onye ori
Otu ubọchị bụ nke onye nwe ụlọ.
Ogbu mma ga-ala na mma.
Chukwu mere ha ebere.
Ụwa, onye meta nke o metara
Nke o metara ewere ya.
Ọ bụ mmadụ ole ga-ekwenye nke a?
Gịnị mere nne ji añụ
Mmiri ahụ riri nwa ya?
Ihe na-aga ugbua na-ewuta mmụọ.
Chukwu bi n'igwe Ị na-ahụkwa,
Ị na-ahụkwa ihe ụmụ mmadụ na-eme ibe ha
Ọchịchịrị gbara ebe nile
Olile anya, olee ebe ịnọ?
Taa, anyị anyị dị ndụ
Echi anyị bụ ozu, okpokoro!
Nke unu agwụla, Omeife
Ụwa, onye nọjurụ ọ laa.
O bụghị mgbe iji laa
Kama ụzọ i jiri laa.
Chi mere anyị ebere.

[*Obidiya nọ n'ụlọ na-agụ ego.*]

OBIDIYA: Akakaka bụ dimkpa. E kwuo a hụ n'anya bụ okwu dị ire, Ihe nile mmụọ ya kwuru emezuela. Ego, Dike na-achị ụwa, ahụna m gị. Nri otu onye ọ na-atọ utọ? Ego, jee zugodi ike. Agaghị m ebu ozu enyi n'isi hulata ịtụtụta eji. Ama m na ị bụ ezewụwa, biko ka m chọọ di m. Ama m na mụ na gị ga-alụkọ ọlụ; ewekwala iwe. Onye bujuo gị ụlọ ejighị mmadụ, i nweghị ike bilie lụọ ọlụ. Mmadụ ka mkpa. Gị Ọnụma di m, kulie nwoke-nwoke. Ịbụghị uzuzu mmadụ oge ị dị ndụ. Mmadụ ibe gị anaghị emeri gị. Ije eruela. Oke n'ọsọ, ngwere n'ọsọ. Anọ m n'ụwa eme gịnị? Ita ahụhụ? Ghọọ futu bọlụ! Ọ bụghị na ndụ nke a. Ana m emere gị ebere bụ dike nwere ego ji ego gị akwafụ ọbara. Egede esirile. Ọ bụ ezie na i ji egbe gbaa onwe gị gburugburu, ma ị nọ n'akụkụ olu. [*Ọ kpatụ aka n'arụ.*] Akwa mkpe! Mkpe Ọnụma. Ọnụma di m. Di na-enweghị nkewa. Otu mmụọ ji anyị. Ụbọchị ahụ ị nwụrụ ka m nwụkwara. Chere m. Chere m ka m gwa eze na ogbe-nye bụ kwa mmadụ. [*O bijaa*] Onye zitere Tanka ebe a? Ọ dị mbụ abịa ebe a? Ọ bụ onye ara ka o zitere ka o gbuo m?
Tanka, ị bịara igbụ m? Ngwa lee olu m.



TANKA: Ị ga-eyi tie n'olu? Enwere m iri, otu, anọ, asatọ. Ị ga-akpọ anwụrụ?

OBIDIYA: Nwanyi ọ na-eyi tie?

TANKA: Isi ọkụkọ efuela. Nye m ya ụgbụ a.

OBIDIYA: Onye ji isi ọkụkọ gị?

TANKA: Ị bụ onye ara? Ara ọ dị gị n'isi?

OBIDIYA: Haa! Obidiya anwụọkwala m. Nna, ọ hala gị gbawa m?

TANKA: I chere na m bụ onye ara ibe gị?

OBIDIYA: A na-ekwu nke mere eme ọzọ eme. Aghọkwala m onye ara taa?

TANKA: Ị na-kpọ m onye ara? Damful, idiot, non-sense, damburuba, garamafun, Tụfịa!

OBIDIYA: Ihe ndị a ọ na-eme n'ụlọ m?

TANKA: I bi n'elu nsị. Ị na-eri nsị. Shọrọpụ.

OBIDIYA: Efuekwala m. Bịa lawa ọ bụrụ na ọ bụghị mmadụ zitere gị.

TANKA: Ị ga-anwụ ọkpọkọ?

OBIDIYA: Nne gi ọ nwụrụ ọkpọkọ?

TANKA: Nna gị nwụrụ ọkpọkọ. Ada gị na-anwụ ọkpọkọ.

OBIDIYA: Nsogbu!

TANKA: Lee kọbọd egbe; lee oche nkịta.

OBIDIYA: Anwụọkwala m. Onye ga-azọpụta m taa?

TANKA: Ị chọrọ ka m lụọ gị?

OBIDIYA: Ngwa, nna, ọ bụ nke fọdụrụ. Di na nwunye kwesịrị anyị.

TANKA: Ị ga-ana kọbọ?

OBIDIYA: Kpọrọ m lawa.

TANKA: No! Ị jọrọ njọ.

OBIDIYA: Ezi nwoke, Ozuela. Oruekwala mgbe

ị ga-ala.

TANKA: Chief Oji lechara m anya mee m asọt. Aga m apịachi ya anya. Anụmanụ ka ọ bụ. Onye isi mmebi.

OBIDIYA: Gaa pịachie ya anya:

TANKA: Eke Oha leeeee! Gbom ekwuele! Nye m naịra ise ka m zuta anụ udele anyị ga-eji sie ofe egusi.

OBIDIYA: Ezi di m ọma. I ji anụ udele esi ofe. Ụwa nke a kpụwaya. O nweghị nke i nyere m. Ọ dịghị nke m ji.

TANKA: Nwanyi, nye m narịa ise ka m laa.

OBIDIYA: Enweghị m. Laa, biko. Ọbịara nga onye abịagbula ya.

TANKA: Aga m etinye ọku n'ụlọ a ugbu a.

OBIDIYA: Ebe ọkachasị mma. Mụ nwụọ jekụrụ Ọnụma.

TANKA: Ọnụma ekeele gị obi.

OBIDIYA: Ọ bụghị ma gị kwuru

TANKA: Ị sị na onye zụrụ ori? Mụ!

OBIDIYA: Amaghị m.

TANKA: Onye ori. Damburu kakadukadu. Ụlọ nonsense!

[*Ọ pụa.*]

OBIDIYA: Nke taa bụ nke mụ na onye ara. Ọ dị mma.

[*Ọ pụa*].

[*Ụmụ Nnadi a bata.*]

ỤMỤ NNADI: Gịnị bụ ụdị ihe iribama ndị a
Na-egosi onwe ha n'ezi na ụlọ Oriakụ?
Eke na ajụala na-akpụbata n'ụlọ n'ehihie



ọcha.
Wee fuekwa n'iru mmadụ nile.
Udele na-ebere n'elu ụlọ
Si n'otu elu ụlọ fekwasị nke ọzọ.
Ijere na mkpu arapụwo ebe obibi ha
Wee bịa jupụta obi, ebe mmadụ nile na-anọ.
Ha na-arahụkwa ụra n'ime ite ofe
Mee ka ụmụnta nọọ agụụ
Ezigbo esu na-eji ka unyi, ndị ozi Iyieke,
Egosikwala onwe ha n'obi
Chụsasịa ndị ọbịa nile.
Olu mmadụ enweghị ike ị kọwa
A kpotela ha n'ụra n'etiti abalị.
Ma lee, ọ dịghị onye a hụrụ.
Gịnị ka ihe ndịa na-egosi?
N'ezie Oriakụ nọ na nsogbu.
Ewo! Gịnị ka ụwa nke a bụ?
N'oge anyị nọ n'oke añụrị
Ka ihe ndakwasị na-adakwasị anyị.
O lee ọnọdụ anyị nọ n'ime ụwa?
Mmadụ ọ bụ gịnị?
Bọlụ e kunyere ọyị.
Ihe e nyere nwa oge nta
Ị nyere mmadụ ibe ya aka
Site n'onyinye Chukwu nyere ya
Ma site n'anya ukwu ya, ọ na-eloba
Onyinye nile n'ime afọ ya
Nani ị butere onwe ya otorororo na afọ ọbara.
Ah! Ihe ndịa adịghị egosi ọnwụ kwesịrị

ọgaranya.
N'ihi na mgbe ndị mmụọ were iwe
Zipụta ndị ozi a nile
Ndị ha jidere na-aza aza.
Ezi na ụlọ na-emechikwa.
Ọ bụ ezie na anyị na-ebère
Ndị o nweghi ihe ha mere akwa
Ma mmadụ enweghị ike gbanwe
Eziokwu ghara inata ụgwọ ya.
Ma, Chi, mee ebere.

[KỌTỊN]

[*Ndị eze na ndị nwe ala ga-anọrịrị ọdụ; nwanyị na-ebe akwa tupu emepee kọtịn.*]

ONYE NWE ALA: Olee nke mere?
ỤGADIYA: Ọ bụ nke anyị hụrụ taa.
ONYE NWE ALA: Na gịnị mere?
ỤGADIYA: A na-eji ọnwu egwu egwu?
ONYE NWE ALA: Kedụ ka o osiri mee?
ỤGADIYA: Ndị nwe m, Ọ gbara m gharịa.
ONYE NKE ATỌ: Ọ ga-agba! Ọ ga-agba!
ONYE NKE ABỤỌ: Egwu dị.
ONYE NWE ALA: O mere ọlịa, nne?
ỤGADIYA: O nweghị m ọnụ okwu.
ONYE MBỤ: Ọ ka o si adị. Mmiri ejula nwa awọ ọnụ.
ỤGADIYA: N'abalị ụnyahụ, ka ọ kpọrọ m gwasịa m ọtụtụ okwu dị iche iche, wepụtasịa ego akwukwọ ụmụ ya nke ọkara afọ nke



a, na-ekwu na ya ga-eje obodo oyibo ileta Chima meekwa ka ndị bekee mata na ọ bụghị nanị ha nwere ego. Anyị achị a ochị, kwuritakwa ọtụtụ okwu na-atọ ọchi laba ụlọ
ONYE NWE ALA: Gịnị emezia
ỤGADIYA: N'isi ụtụtụ ebụrụ m ya ụzọ teta ụra. N'abalị o nweghị oge ọ bụla arụ ọkụ ma ọ bụ nsogbu ọ bụla dị añaa dagidere ya ma asị kwa. Emesịala m nri ụtụtụ, wụsịa ahụ, ya onwe etetabeghi ụra. Mkpọkata ya oku, ọzaghị. Akwaa m ya aka, otetaghị. M'bitụ ya aka n'arụ, lee ume ya, ebe nile ajụa gbaa. O nweghị ume ọ bụla fọdụrụ ya n'arụ ebe ọ bụla. Mkpu adapụ m n'ọnụ [Ọ *bee akwa, ndị ọzọ ewedata iru n'ala.*] ọ ka m si hụ. Ọ ka m si hụụụ
HA NILE: Mechie ọnụ, Ebekwala.
ONYE NWE ALA: Ọnwụ ọnụma. Ọnwụ mberede. Ọ dị ụjọ.
ONYE MBỤ: Ọ na-ama arụ riririri. Nsịkọ sị na anụghị anụ ọ ga-abụ n'obi iru na n'obi azụ piara-katam.
ONYE NKE ABỤỌ: Ọnwụ ike!
ONYE NKE MBỤ: I lee ya anya n'arụ ịga-ahụ na ebe nile ya dị gidim. O nweghị ịhe ọ bụla pụrụ ya n'ahụ. Ọ dị ka ọna-ararụ ụra.
ONYE NKE ATỌ: A ga-ararụ nke a rue ole mgbe?
ONYE NWE ALA: Nsogbu dị. Ụdị ọnwụ a.
ỤGADIYA: Kedụ ka ime ụlọ dị? Ọ dịghị oke njọ
ONYE MBỤ: Ị ma-ama ajụ? A na-achọ ajị achọ n'olu ebule?

ONYE NWE ALA: Nkwụkwụ mmiri nwekwara ike ịkọ n'ebe ọ ha-anọ.

ONYE NKE ABỤỌ: Ọ bụghị na ụdị ebe a.

ỤGADIYA: Nsogbu adịghị. N'ike chi a ga-enweta ihe eji eli ozu n'ụlọ ozu.

ONYE NWE ALA: Anyị ga-ejikere ili ozu.

ONYE NKE ATỌ: Ili gịnị?

ONYE NWE ALA: Ili ozu.

ONYE NKE ATỌ: Ọ dị m ka i chefuela omenala anyị?

ONYE NWE ALA: O lee nke ọbụ?

ONYE NKE ATỌ: A na-eburu tinye n'ala otu ahụ?

ONYE NWE ALA: Ọ ka mma ka ọ na-esi unu n'ọnụ. Ọ ga-abụ ịmata ka a ga-esi eme ya.

ONYE MBỤ: A ga-ajụ nwanyị nwe ụlọ ajụjụ.

ONYE NWE ALA: Ihe a bụ izuzu ime ụlọ ka anyị na-agba. Onweela onye unu ziri ihe?

ỤGADIYA: Ọ dịbeghị onye eziri ozi.

ONYE NWE ALA: Ndị nwe m, nke a agbaala anyị n'ihu. Ebe o nweghị ụmụ ya ndị toputara etoputa dị ebe a, ụmụnna na ndị agbata obi ga-abụ ụmụ.

ONYE NKE ABỤỌ: Onye na onye ga-eje?

ONYE NWE ALA: [*Welie anya elu, wedata*] Gogo na Ugwumba ga-eje.

ONYE MBỤ: Ka emezue ha mmadụ atọ.

ONYE NKE ATỌ: Abụọ ezuela.

ONYE NWE ALA: Unu si ka ọnọdụ otu ahụ?

HA ABỤỌ: Ya nọdu.

ONYE NWE ALA: Kpọrụ Gogo na Ugwumba nwanne Oriaku.

[*Ugwumba na Gogo abata*]

11/24



ONYE NWE ALA: Ugwumba, enyi m nwoke, mmadụ anaghị ajụ ihe ọnya ya gburu. A naghị ero iro n'ọnwụ. Nke dị gị n'isi nwụrụ, nke dị gị n'ọdụ nwụrụ. Gị na Gogo ga-aga Ọzụzụ ịchọpụta ihe banyere ọnwụ nwanne gị.

UGWUMBA: Agaghị m eje. Ya bilie jee. Ọ dị onye unu amaghị ihe nile o mere m n'ihi na o nwere ego?

ỤGADIYA: Achọghị m ka Ugwumba nọ ebe a kwutọsịa di m. Ọ sị na ya agaghị eje unu hapụ ya. Aga m eje.

UGWUMBA: Ọ bụrụ na ị chọrọ ije bilie jee. Oge ị na-eri womwom gi na di gị ụnụ chetara na unu nwere nwanne? Onye rikarịa, ya nyụkarịa. Onye ọ bụla kpoo nsị ọnyụrụ.

ỤGADIYA: Ezè, unu si Ugwumba bịa ebe a ị kọ Oriakụ ọnụ?

ONYE NWE ALA: Ugwumba, o zuọla. Ị bụ nwoke. Nwoke anaghị ekwu hohoho. Okwu dịka ihe odide ndị bekee. E dee, nke na-adịghị mma ehichaa degharịa. A na-anọ n'ama esu okpi anụ? Tụa jụụjụụ.

UGWUMBA: Anya dike na-anyụ mma. Ọ bụrụ mụ na nwanyị ọjọ a taa ọ gara-ahụ ihe ha ogi aka ha meta.

ỤGADIYA: Biko, unu gwa Ugwumba ya pụa n'ebe a.

UGWUMBA: Ịraa nsị ma zụchie gị obi. Abụ m nwanyị ibe gị? Unu gwakwa anụmanụ a fachie ọnụ ya.

ỤGADIYA: Ị na-akpọ m anụmanụ?

ONYE MBỤ: O zuọla. Ihe ndị a bụ gịnị, biko?

ONYE NWE ALA: Ara ọ di unu n'isi? Unu bu ozu enyi n'isi hudata ala itụtụta eji? Ụdị okwu a ekwesịghị ụbọchị taa.

UGWUMBA: Ya dịwa otu a. Ọ bụ otu onye nwe ezi dowere ezi ya tutu ọ nwụọ.

ỤGADIYA: O dowere ezi ya ọlịa?

ONYE NKE ABỤỌ: Nwanyi, mechie ọnụ ka nwoke kwukarịa gị. Nke gi ọ bụ mbụ? Nwoke naekwu ka ọ dị ya n'obi. I chere na o nweghị ebe di gi mere ya ihe ọjọọ?

ỤGADIYA: Ya mee ya, ọ bụ n'ebe a ka ọ ga-ekwu ya?

ONYE MBỤ: Ebe ala mebiri ka a ga-anọ kwaa ya.

UGWUMBA: Ndị nwe m olee ebe unu si na anyị ga-aga?

ONYE NWE ALA: Ọ ka dimkpa si eme ihe. A chụpụ nwa egbe tupu atawa nwa ọkụkọ ụta.

ONYE MBỤ: N'Ọzụzụ.

UGWUMBA: Chọpụtanụ isi ọnwụ a.

HA NILE: Ee!

UGWUMBA: Gogo, nwa m, ka anyị jee hapụ mkpọkorọ nwanyị ọjọọ.

ỤGADIYA: Unu gwakwa Ugwumba na mu abụghị nwanyị ya. Onye m nsogbu n'ezi a mụ hapụrụ ya pụa.

ONYE NWE ALA: Nke ahụ bụ ndụ unu. A hapụla nne. Nọdụ lekọta ezi di gị.

UGWUMBA: Ọ bụghị m ga-achụ gị, ihe i metara gaachụ gị.

ONYE MBU: Gawanụ, o zuọla.
[*Ha apua*]

ỤGADIYA: Nọdụ ka mụ na gị kwue okwu taa.

ONYE NWE ALA: Okwu na ụka na-adị ụnụ mma n'ahụ.



ỤGADIYA: Ọrụ ọ kọrọ onye? Nwoke sị na ya ejikerela, nwanyị eburu oche chee ya.

ONYE MBỤ: Ọ ka msi ahụ. Unu jisie ike.

ỤGADIYA: Ọ bụghị nke ijisi ike. Onye chọọ ihe, ya hụ ihe ọ chọrọ ya agbakwala ọsọ.

ONYE NWE ALA: Werenụ nwayọọ. Nwayọọ nwayọọ ka eji aracha ofe dị ọkụ. Ezi afọrọla ụnụ abụọ. Ndị iro abụọ anaghị ebi n'otu ụlọ.

ỤGADIYA: Ya sị ka anyị biri n'udo, anọ m ya. Ya chọkwa biribiri anọ m ya. O nweghị ihe anya hụrụ gbaa ọbara.

ONYE NWE ALA: Hapụ okwu na ụka. Nke iru ka. Anyị gaeru ụlọ ritụ nri tutu anyị abịaghachi, oge ahụ ndị gara ihe alaghachila.

ỤGADIYA: Aga m ele anya unu.

ONYE MBỤ: Tasie, anyị na-alaghachi.
(*Ha apụọ*)

ỤGADIYA: Ihemkọrọm! Ihemkọrọm!

IHEMKỌRỌM: Mama.

ỤGADIYA: Jikere. Ị ga-aga ebe nnenne i ụgbụa.

IHEMKỌRỌM: Yes, mama.

ỤGADIYA: Saa ụkwụ; bọọ isi. Ngwa, je jikere.
[*Ọpụa*]
[*Ugadiya abaa ime ulọ di ya tinye aka n'ime igbe di ya weputa ego riri nne, were kwa ọla aka, na ezigbo akwa amara aha ya, na ihe ndi ozo di oke ọnụ, kechie ha n'akwa, tinye ha n'akpa, mee ngwangwa pụta.*]

IHEMKỌRỌM: Mama, emechala m.

ỤGADIYA: Ngwa, were akpaa nye nnenne gị. Sị ya dowere m.

IHEMKỌRỌM: M nye nnenne m.?
ỤGADIYA: Nnenne gị.
IHEMKỌRỌM: Anụla m. Ka m jee.
ỤGADIYA: Ngwanụ. Bịa! Bịa! Bịa! E sikwala ihu ama. Site azụ ụlọ gaa. Site mkpata ụzọ wọpụta n'azụ ụlọ nnenne gị.
IHEMKỌRỌM: Mama, ama m ụzọ azụ ụlọ.
ỤGADIYA: Ngwa, gawa. Gawa otu ihu. E gwụkwala egwu n'ụzọ.

[*Ọpụa*]
[*Ndị nwe ala abata: Eze nwe ala na ndị ọzọ.*]

ONYE MBỤ: Ụyapụee!
ỤGADIYA: Ụyapụ sọọ! Batanụ.
[*Ha abata*]
ONYE NWE ALA: Ndị gara ihe ha latala?
ỤGADIYA: Ha alatabeghi.
ONYE MBỤ: Gịnị ji ha?
ONYE NKE ABỤỌ: Ije na-áka otu esi eje ya.
ONYE NWE ALA: Ọ bụrụ na ha latara ugbụ a ọ gara adị mma. Mmema ememara ozu bụ olili eliri ya n'oge.
ONYE MBỤ: Ebe dum ga-adị gidim otu a ruekwa mgbe ndị ije latara. Anyị ga-apụ ezi chere oge ndị a batara. Onye lee ka ozu dowere iru o ibegbue onwe ya n'akwa.
[*Ha apụọ*] [*Ụmụ nnadi abata*]
ỤMỤ NNADI: Igbudu mmiri rujuru elu igwe ezoo
Ụdara chasịa ọ daa.



Mmiri amaala ụmụ nwanyị ibe m n'arụ.
Ụdara a daala ha n'elu isi.
Ewo! Anwụ adaa n'ụtụtụ.
Egbe igwe na-ekwu; amụma juru igwe
Nwanyị ibe m, ga rienụ ihe.
Ihe nwụrụ anwụ a laala,
Akwa bụ omenala ọnwụ.
Ọzụzụ ga-ekwu ezi okwu nile
Anya ya di nkọ karịa agụba.
Eziokwu ga-agba ka ọnwa
Ụjọ dị anyị, ọ dị anyị
Ụdị igbudu mmiri a
Na-ekpochapụ ihe nile.
Nna, biko, nwee ọmiko.

[*Ha apụọ*]
[*Ndị nwe ala abata*]

ONYE MBỤ: Ọ dị ka m na-anụ olu Gogo.
ONYE NKE ABỤỌ: Ọ bụ olu ya.
ONYE NWE ALA: Lee ha. Ụnụ alọla.
ONYE MBỤ: Ugwumba, ịlọ! Gogo, ịlọ!
HA ABỤỌ: Ndewo!.
ONYE NWE ALA: E e !
[*Ebe nile edere gidim*]
Olee ka ije dị?
UGWUMBA: Ịhu adịghị ụsụ mma.
ONYE MBỤ: Anyị ga-anọkwa?
UGWUMBA: O nweghị ihe bu omere mbụ. A ga-adị.
ONYE NKE ABỤỌ: Topee ngwugwu gị.
UGWUMBA: Ọzụzụ hụrụ ụzọ nile o siri mee.

ONYE NWE ALA: Ihe ọ na-ahụghị, onye ọzọ ọ ga-ahụ ya?

ONYE MBỤ: O ji ọlịa mee?

UGWUMBA: Ọ kachara ihe nile mere n'abalị echi.

ONYE NWE ALA: Na gịnị kpatara ọnwụ?

UGWUMBA: Na mmuọ na agbara gbakọtara aka kụgbuo ya.

ONYE NKE ABỤỌ: Na o mere gịnị ?

GOGO: Ọtụtụ ihe tinyere aka n'ọnwụ ya. Ọzụzụ sị na ọ kwafuru ọbara ndị o nweghị ihe ha mere, were ada ya gwọọ ọgwụ ego. Na aka ya dị n'ọnwụ Ọnụma. Ekwenyere m ihe o kwuru site n'omume o mere mgbe Ọnụma nwụrụ. Nke ka nke okwu na ụka atọọla nwa. Ọzụzụ kwukwara na yo were ọfọ na ogu anyị nye ndị iro nakwara ego. Na ihe mere o jiri gbapụta ya n'aka ndị iro bụ na ndị ichie na-enye ya nsogbu.

UGWUMBA: O nweghị ihe ntị nke a anụghị taa. À ma m na nwanne m nwoke nwere ndị na-ejere ya izu ori?

ỤGADIYA: Ọzụzụ kwukwara nke ahụ?

UGWUMBA: Onye ọzọ ga-ekwu, gị onwe gị ịmaghị ihe di gị na-alụ?

ỤGADIYA: Amaghị m. O bụrụ na ị mara kwue ka ọha nụ.

ỤGWUMBA: Nwanyị mụrụ nwa n'ahịa, asị ka ọ kpachie ụkwụ, a na-akpachi gịnị?

ONYE NWE ALA: Unu ghara okwu bekee unu ahụ. Olee ihe a ga-eme?



GOGO: Ihe a ga-eme buru ibu

ONYE MBỤ: Ị na-agwa onye? Ala arụọ ala.

GOGO: Nke mbụ bụ na agaghị ili ya n'ụlọ. Akwa ebeghi; kpom akụghị. Mmụọ nwe isi ya.

ONYE NWE ALA: Mmụọ nwe isi Oriakụ? Joeba Chineke! Uwa emebiala. Oriaku ga-ala na mmụọ! Onye ọ bụla ejila ụwa eme ọnụ.

ONYE MBỤ: Ụwa nwe mmadụ mmadụ enweghi ụwa. Ọnwụ ọjọọ

ONYE NWE ALA: Ezigbo ibu a daala. Ugwumba, eji ọlịa eme nke a?

UGWUMBA: Ọ gbara mụ gharịị. Ka mgbe anyị si n'ụzọ na-alata, echiche m na-aga ka elekere. Ị ma omenala nile dị n'obodo a. Ihe i kwuru ka aga eme.

ONYE NWE ALA: Ihe agatara ka aga-eme. Ekwue ọzọ eme ọzọ, ịma na nsogbu ga-adị. O nweghị ụzọ ọ bụla aga-eji gbapụta isi ya?

GOGO: Anyi jụrụ ma anyị nwekwara ike ịgbapụta isi ya n'akụ ya, Ala, ọfọ na agbara gbakọtara aka jụ.

ONYE NKE ABỤỌ: Ọ bụrụ na aga-ebu ozu ọgaranya ga tufue n'ọhịa efu.?

ONYE NWE ALA: Otu ozu dobere onwe ya ka aga-eli ya. Onye nwụjọọ anwụjọọ, elijọọ ya elijọọ.

ONYE MBỤ: Agwa Oriaku na ọ ga-anwu ụdị ọnwu a, ọ ga-ekwe?

ONYE NKE ABỤỌ: Echetalam otu ubochi ọgwara m na ya ga-azụ igbe si n'ala bekee aga-eji lie ya.

ONYE NWE ALA: Ọ ghọọla ọturụkpọkpọ sịrị na oge nne ya nwụrụ na ya ga-eji ọnụ tụjie osisi

Ọlụ nke iwe gị lụrụ dị ụjọ
Ezi na ulọ echiela.
Ọnụ kwutara obi iwe
Anya ukwu kpasuru iwe.
Ewo! Ajọ omume nke ndị bụ nna
Eletala ụmụ ha n'oge ha dị ndụ
Nwanyi, ọ bụ ọlu gi i megwara?
Mmegwara, ọ bụghi nke Chi?
I lụwo ọgu, ọgu Chi ga-alụ
Ị chọrọ ka Chi mee gịnị?
Ị tụala ntọ ala mmegwara
Akụa kpọm, ọ kwuru gawa.
Nna, biko, mee ebere.

ỌKỤ WEE NYỤỌ



# NKỌWA OKWU

1. *ububu jam:* okwu na-enweghị isi na ọdụ.
2. *Nwa alọ:* Ezigbo nwantakịrị.
3. Gwa agụ osisi eji tụa ya: Gwa ya ihe ọ bụ.
4. *Abịrịka:* ogede, ukam.
5. *na-agba sịka-sịka:* na-atụpụ ụkwụ na aka, elughari onwe ya dị ka onye gaje ịnwu anwụ.
6. *Nkwa:* Igba, ekpete.
7. *Ịrụ ọrụ:* Ịlụ ọlụ.
8. Abara ma ọ bu Avara.
9. *kpororom-hiararam:* ị gaghari ihu na azụ.
10. *Siririm-wererem:* gaa nke ọma.
11. *Ga-emebo*: mee ka mmadụ mata.
12. *Elekerenye:* Atañ.
13. *Azuzu:* Ijere.
14. *Ịkpiipii:* nnụnụ-abalị: Ụfọdụ na-asị na ọ bụ ajọ nnụnụ, isi ya buru ibu.
15. *Mpọ:* ọ naghị agba mbara, ebe nile, oge nile.
16. *Ọramanu:* Ọkwa ose.
17. *Kaa:* Ekele. Okwu ekele ndị Bende.
18. *Ị lọọ:* Ị latala. Onye tụrụ mmanya dị ka onye gara ije.
19. *Kirikirichọ:* Ndị na-elekọta ndi ọlu ubi.
20. *Ụyapụ:* Ekele e ji akụ aka n'ụzọ.
21. *Egede:* Okwe. Esiwele okwe. Onye ihu na-atụ onye azụ na-atụ.
22. *Naina:* Naira. Ego ndị Nigeria
23. *Mgbudu akwa:* Obi akwa.
24. *Atịta:* Ịkere.
25. *Akirika:* Atanya.
26. *Sue okpi anu:* Iwepu nsị dị n'afọ anu tutu esie ya.

27. *Ọrụ Ọkọrọ onye?* Ọ bụ onye di ka nwa aturu na-enweghị ntụpọ

*Mkpata ụzọ:* uzọ ntakịrị. ụzọ ọhia

28. *Ọturụkpọkpọ:* Nnụnụ.
29. *Ọdi nge ọdi jikere:* Onye nọ ebe ọ nọ jikere.
30. *Ngwugwu:* ihe ekere eke.



In computer.

asaa; o rue ka nne ya nwụrụ ihe etoo ya n'ọnụ. O nweghị onye nwere ike ikwu ihe banyere ọgwụgwụ ndụ ya. Ọ bụ ndị ọzọ na-agbara anyị ama ikpe azụ. Nke Oriakụ ọ ga-adị iche?

ONYE NKE ABỤỌ: Ahụrụ m kwe.

ONYE NWE ALA: A naghị eli ụdị ozu a ugbua. Ozu abalị. Ọ dị mwụta na oke dike ga-ala n'abalị ọjọọ. Ndị nwe m, anya mmiri ejula m anya. Ihe enweghị ka esi eme ya.
[*Mmadụ nile ekpudo iru n'ala bee akwa*]
Ihe ka anyị agbajiela anyị aka napụ anyị ihe anyị ji.

ONYE NKE ABỤỌ: Atakata nwa egbe buru nwa ọkụkọ laa ụta, atatụkwa nwa ọkụkọ jere ije ọjọ ụta. Mmadụ iji ọbara ibe ya gwọọ ọgwụ ọ bụ ihe ọma? I mebi ọbara mmadụ ibe gị o kwesịrị ekwesi?

UGWUMBA: Kama m rijue afọ dachie ụzọ ka m nọrọ otua m nọ. Isi iro mụ na ya ọ bụ gịnị? Nwanyị ya ọ sị na ya amaghị!

ỤGADIYA: Ugwumba, i bịakwala ọzọ. Ana m eso nwanne gị n'azụ?

UGWUMBA: Ị ga-eso? Ori womwomwom ọ na-ajụ ebe o si?

ỤGADIYA: Ugwumba, kwufọ. Ọnụ kwufọ. Onye a bụ nwanne gị.

UGWUMBA: Mkwufọ m kwufọrọ bụ nke a.

ONYE NWE ALA: Ụnụ ghara. Nke mere emesiala. Abali rue okwu ebee. E buru ya ga na mmiri.

ỤGADIYA: A ga-eli ya na mmiri?



ONYE NWE ALA: Ebe ala kụgbụrụ ya a ga-amama lie ya n'ala? Elie ya n'ala, ala ga-ajụ ya. Ezi na ụlọ nke fodụrụ ga-eso.

ỤGADIYA: Heu! Heu! De Oriakụ.!

ONYE NWE ALA Nwa m ọ bụ ka omenala kwuru. Ị chọọ ka ọ dika ịchọrọ agbakwala ọsọ mgbe ihe ichọrọ bịara ịgba gị ụgwọ?

ỤGADIYA: Onye nwe m, o nweghị ihe ọzọ dị iche m chọrọ. Meenụ ka iwu unu si gaa.

ONYE NWE ALA: Ụmụ m, Gogo, Ugwumba, mgbe abali a ga-achọ okorọbia ole na ole tinyere unu ka ewere ya ga dozie. Nne, nwanyị, o nwekwala onye ga-akpa ihe ọ bụla o nwe aka. Ihe mmadụ jiri ntị ya nụrụ anaghị egbụ ya.

ỤGADIYA: Onye ga-akpa? Ihe ya nile dị nime igbe ya ka o si rapụ ha.

UGWUMBA: Ọ na-abụ nwoke nwụọ ụmụ nwanyị ekewa ihe ya. Ụfọdụ e were nke ha ji zoo, onye chọọ izo nke a ihe o zotere ya were. Aka owuwe nwe ọnwu. Elu na ala lee ọba aka m. Amaghị m nke gara ihu na nke gara azụ.

ONYE NWE ALA: Meenụ ka m kwuru. Anyị ga-ala.
[*Ha apụọ*]

UGWUMBA: Gogo, ahịa alala hapụ nanị udele. Onye-ndu edurula onye isi ebe ọ ga-ama ụzọ. Jikere, onye ka anyị ga-ebulara ọkatara mmanya ngwọ anyị gbara?

GOGO: Ọlee nke ị chọrọ ka m mee?

UGWUMBA: Itufu oge adịghị. Chọta ogugu ngwọ

ka anyị were kwaa igbe a ga-eji lie ya ebe agaghị eji ezigbo igbe lie ya. Ka m chọta eriri.

[*Ha abụa apụọ*]

ỤGADIYA: Ebelebe. Ọ bụ ka o si adị?
Ụwa, nwa-mbugharị.
Di m ọma, ọ bụ gị ka
E ji ogugu ngwọ etinye?
Onye ma ihe ọ ga-arịa nwụọ?
Ewo! Akanụghị!
Esi ọlịa a kọ ụdi a n'ezi?
Ọnụ emee ntị ihere.
Nna emebọọla ezi.
Di m ọma, ije ọma.
Ka ụdị a ghara ime gị
Mgbe ị lọrọ ụwa ọzọ.
Ije ọma.

[*Ugwumba na gogo abata were ogugu na eriri kechie ozu para ya papụ. A gbanyụa ọku, tinye abụ ma ọbụ egwu na-emetụ n'obi. Etie egwu eji akwa ozu. Ụmụ nnadi abata.*]

ỤMỤ NNADI: Lee ka ọ na-aga bụ onye ahụ
Mgbe ọ nọ n'ụwa o yiri ndị mmụozi
Ọnwụ, Onye mkpuhe, ekpughela.
Ihe emela ebe nile.
Ọchịchịrị agbasaa.
Na ị ga-anwụ, Dike, anyị ma
Ma ihe na-eso ụdị a erika.



N'ihi na udele na ajụala
Adịghị ewe otu onye.
Nkịta risịa nsị,
Eze eree ewu.
Chi, mee ebere!

# USORO NKE ANỌ

[*N'ulọ Oriakụ*]
[*Gogo abata, jide leta n'aka.*]

GOGO: Ụgadiya, Anatara m leta si obodo oyibo.

ỤGADIYA: Ọ bụ Chima detara?

GOGO: Amaghị m onye ọ bụ. [*O mepee ime ya Chọpụta onye dere ya.*]

ỤGADIYA: Chọpụta. Mgbe onye nwe leta anwụọla, anyị ndị nọ ga-achọpụta ihe edere n'ime ya.

GOGO: Ọ bụ onye isi ụlọ akwukwọ dị na Amịrịka dere ya.

ỤGADIYA: Chima nwa m?

GOGO: Ọ bu ya nwa.

ỤGADIYA: Tutu ị gụa, kpọọ Ọmasịrịdiya na Jioji.
[*Ọmasịrịdiya na Jioji abata*]
Nna, gụanụ ihe dị na leta si Amịrịka bịa.

GOGO: Onye dere akwukwọ a bụ onye isi ụlọ akwụkwọ Chima, n'ulọ akwụkwọ ukwuu dị n'Ọkolohoma. E dere ya n'ụbọchị iri na atọ n'ọnwa gara,aga.

ỤGADIYA: Ọ sị ginị?

GOGO: 'A regret' bụ nwụta.

ỤGADIYA: Ị jụa m mụ ajụa onye?

GOGO: Ọ sị na ọ na-ewuta ha rie nne ị nụ ihe banyere ọnwụ nna anyị Oriakụ nke anyị degara ha leta banyere ya.

ỤGADIYA: Nke ahụ agala. Gogo, i deziri leta ahụ edezi.

GOGO: Ọ si ka ụnụ kasie obi.



ỤGADIYA: Ginị ọzọ ka uwa ga-asị? Tasie, Mechie ọnu. Anyị emechiela. Mmadụ abụọ lụwa ọgu onye ogbugbo emezue atọ. Ihe ụwa na-eme bụ igbo egbo

GOGO: Ọ sị kwa oo!

ỤGADIYA: Ginị?

GOGO: Na ọ na-ewute ha banyere ọnwụ

ỤGADIYA: Ọnwụ onye?

GOGO: Ọnwụ Chima Oriakụ.

ỤGADIYA: Chima oleke? Chima nwa m? Ọpara m? Lezie anya.

GOGO: "Your son Chima, a third year medical student." Nwa gị Chima, nke na-amụ dọkịta na-anọla afọ atọ [*Ụzụ akwa tupụ.*]

[*Ụgadiya ebulie onwe ya luo n'ala ha nile agbaa ya gburugburu jide ya.*]

GOGO: Efuekwala m. Onye sị m gụọ leta? Biko, jidenụ ya. Otu onye kute mmiri. Mmiri, ngwa ngwa!! Wụa ya n'isi.

ỌMASỊRỊDIYA: Ihe a bụ gini? Ụgadiya, ihe a ị na-eme pụtara ginị? O nweghị onye ọ naghị eme; onye o mere kasie obi. Nke gị a abụghị mbụ. Isitena nwa gi gbuchụe onwe gi, ọ dila mma? Ihe mere eme emechala. Osisi nwuọ ka mkpụrụkpụ ya guzo. Bilie, hichaa anya. Ọ nwụala, anyi ga-eme ginị? Dede Ọnwu ka ike mgbe nile. Egbe eburula nwa ọkụkọ laa; ihe anyi na-eti ụgbụa bụ wawawa efu.

ỤGADIYA: Onwu nke a emekele m obi; M ga-anwụ.

ỌMASỊRỊDIYA: Ị nwụọ, o fụtara gị. Ị garue, Chineke ajụọ gị ajụjụ. Ị ga-asa ajụjụ onye kwụgburu onwe ya: onye na-enweghị ndidi ma ọ bụ ntachi obi.

ỤGADIYA: Ụnụ hapụ m.

GOGO: A gala, agala. Eji ọlia akọ ụdị a n'ebe nd mmadụ dị?

ỤGADIYA: O nwere ihe ntị anụbeghị?

GOGO: Ka aghara ịnu nke a. Tasie. Tasie.

ỌMASỊRỊDIYA: Nụrụ ihe a anyị na-agwa gị. Igbuchue onwe gi i ga-eme ka ụmụ gị ndị fọdụrụ taa ezigbo ahụhụ. Ha agaghị echefụ gi maka ahụhụ nile i nyere ha.

ỤGADIYA: Ah! ah! Ikechi nwa m. Ikechi, o bu gi na-eme ka m nọdụ n'uwa a ọzọ. Ebe Chima na-anwuọla, anọ m eme gini?

GOGO: Ma i kweghị biko, gị site maka Ikechi nwa gị nwee ndidi.

ỤGADIYA: Ha sị na emere ozu ya ọlịa?

GOGO: Ka m gụkwaa ọzọ

ỤGADIYA: Gụchaa. Olee ihe ọzọ ga-aka nke anyị nụrụ-anụ?

GOGO: Ka ọ kọwaa ebe ahụ.

ỌMASỊRỊDIYA: Ebe ọ chọrọ ka agụsịa ya, mee ihe ọ chọrọ.

GOGO: Onye isi kwụrụ na o jesịrị class n'ụtụtụ, risịa ihe, laba ulọ abalị. Oge chi bọrọ, mgbe elere anya rue atana iteghite ụtụtụ, ahụghị ka o tetara n'ụra, ejiri ihe mepee ulọ ya n'ike.



ỤGADIYA: Oriakụ egbuela nwa m. ! Ọ bụghị ihe m kwuru? Ihe m kwuru–

ỌMASỊRỊDIYA: Otu ụdị onwụ ahụ.

ỤGADIYA: Gịnị emee, onye leta?

GOGO: Ha hụrụ ka ozu tọgbọrọ n'ala na-esi isi.

ỤGADIYA: Ozu nwa m na-esi. Ụwa nke a ị dị ebube. Ọ dịghị onye ma ihe ọ ga-arịa nwuọ.

GOGO: Na ndị ọkachamara nọ n'ala bekee elechala uzọ nile, ha enweghị ike ichọpụta ụdi ọnwụ ahụ, na ihe kpatara ire-ure ọsọ ọsọ.

ỌMASỊRỊDIYA: Bekee ọ na-ahụ ndị mmụọ?

GOGO: Mmụọ gbụrụ nna ewerela nwa. Ihe a anyi nọ ọ bụ ndụ?

ỌMASỊRỊDIYA: Anyị nọ ndụ? Ebe ọnwu kwọfere osimirị asaa gaa gbue ǹwa alọ nọ nke onwe ya, ọ bụ anyi nọ ya n'ọnụ dị ndụ?

GOGO: Leta kwukwara na ha eliwo ya na bedingroun ndị bekee. Onye dere leta bụ H. J. Collins, onye isi ụlọ yunivasiti ha

[*Ugwumba abata*]

UGWUMBA: Ụgadiya, ọzọ emekwala!

[*Mmadu nile elegide ya anya*]

ỤGADIYA: Gịnị kwa?

UGWUMBA: Ndị si Egwanga-Opobo sị na ụgbọ Obiajunwa miri na mmiri. Omenụko na Obiajunwa nwanne ya furu na mmiri. Adamma nwanne ha so na ndị furu.

ỤGADIYA: Ya bụrụ ha atọ otu nna ji.

UGWUMBA: Ha atọ si na college jee ile Opobo. A sị na

prinspal zigaṛa ha ihụ ili Jaja n'ọnụmiri Opobo.

ỤGADIYA: Prisipa nke a akpafuela ụmụ Oriakụ ndị fọdụrụ;

UGWUMBA: O nweghị nke nwa onye ọzọ mere. Mgbe ọdachị na-abịa ọ na-abịa n'igbụrụ.

ỤGADIYA: Ụmụ m ọzọ kwa.
Eleo-o-o-o-o! Chi-mụo-o-o!
Ụgbọ efue, Ụmara efuekwa!
Mụ na onye ga-ebi?
Jei! Jei!
Akwọọla m aka tiere okụko akị.
Ọnwụ bịa gburunụ m. Ị na-eme gịnị?
Umuibe, chi ọnwụ abọọla.
Ọ dị nge ọ dị jikerenụ

NDỊ ỌZỌ: Chi ma..

GOGO: Ndị nwe m na ndị m nwe, mkpụrụ osisi a na-arara anaghị acha otu a. Ka mgbe obi m anọghị otu ebe. Ejeruela m ebe anyi jere ihe, cheta ihe onye ahụ kwuru Ugwumba apụọla. O kwụrụ na ya ga-apụ oge anyị na-alata. Ama m na ọ ga-apụ. Onye chọrọ ịnọdu nwere ike nọdụ. Onye nwe ezi apuọla, onye chọrọ inọdu ya nọdu. Abiara m abia. Aga m achọ ebe m si. Onye nwe ezi jiri aka ya mechie ezi oge ọ nọ ndụ.

ỤGADIYA: Ebe gị bụ nanị nwoke fọdụrụ ebe a chọrọ ị pụ, olee ihe ọzọ anyị bu ụmụ nwanyị nọ eme? Gogo, nna m olee ka anyị ga-esi apụ?



GOGO: Isi ka mkpa. Ọ dịghị onye ga-ewere ihe Oriakụ ọ bụla.

ỌMASIRIDIYA: E ji ha eme gịnị?

ỤGADIYA: Anyị ga-ewere ihe ndị bụ nke anyị.

GOGO: Olee nke ị ma bụ nke gị? Akụ nwanyị bụ nke di ya.

ỤGADIYA: Aga m agbara ọtọ si ebe a laa ụlọ anyi?
Mma nwanyi ọ bụghị akwa?
Oriakụ, i mee m.
Ọtọ ka m gba bịa, ọtọ ka m na-agba apụ ugbua. Ka uche Chi mee.
*[Ha nile apụọ. ọku anyuọ. Etie egwu dị iche:*

*[Ọbidiya abata]*

OBIDIYA: Ọ dì nke ga-eme yá mèe.
Ọnụma, ije m agwụla
Echi ma ọ bụ taa, lee ànya m.
Oge anyi ruru ebe ahụ
Ka ikpe dịrị anyi nile.
Ka ndi mmadụ mata;
Ọganiru nke akụ na ụba
Nwere ọgwụgwụ.
*[Ọpua.]*
*[Ụmụ nnadi abata]*

ỤMỤ NNADI Nwanyị ibe m, okwu ndia dị egwu.
Ụwa nke a dị omimi.
Ọ bụghị mgbe egbudara osisi
Ka ọ na-akpọnwụ,
Ihe ọ bụla ga-emerị n'oge ya
Mechie ọnụ gị nne m
Ugbọ buuru Ananias na-eche Safaira.